
UGONNA CHINEDUM E. OFOMATA
CHINEDUM E. OFOMATA
UGONNA

## MAKA AKỤKWỌ A

Ọ bụ eziokwu na ahụhụ dị n'ụwa a, mana ahụhụ nwere nke na-aka ibe ya. N'ezie, nwatakịrị nne ya na nna ya nọ ndụ, were na-eleta ya anya nke ọma, anaghị ama ihe Chukwu meere ya.

Mana, mgbe nwatakịrị dị otu ahụ chọrọ nne ya maọbụ nna ya achọ n'ụwa a, ka ọ ga-amata ozigbo na elu dị n'ala. Ụdịrị nwata dị otu ahụ na-aghọtakwa ngwangwa na oyi ụgụrụ na-aka nke udummiri, njọ.

N'ezie, ihe nwatakịrị dị ka Ugonna hụrụ abụghị ihe ọ tụrụ anya ya. Mana, onye ọbụla ọ bịaara anaghị asị na ọ nọghị n'ụlọ.

FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD
*(Publishers of Ideal Textbooks)*
84 Obinagu Road,
P. O. Box 729 Enugu,
Enugu State, Nigeria
Phone: [illegible]
E-mail: [illegible]

ISBN: 978 - 3473 - 76 - X

# UGONNA

**Chinedum E. Ofomata**

**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD**
*(Publishers of Ideal Textbooks)*
84 Obiagu Road
P. 0. Box 729
Enugu. Enugu State
Phone: 08033393296
E-mail: formatpublishers30@gmail.com
Website: www.formatpublishers.com.ng

Published By:
**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD**
***(Publishers of Ideal Textbooks)***
84 Obiagu Road
P.O.Box 729
Enugu
**Enugu State**
**Phone: 08033393296**

**Branch Office**
6 Orogbo Street
Behind Nitel/Nipost
**Off Zik Avenue**
~~P.O.Box 1220~~
~~Awla~~
**Anambra** State.

Mbipụta Nke Mbụ - 2001
~~Mighari ̣na~~ **Mbipụta Nnke Aabụọ - 2005**
~~Mbighari ̣Na~~ **Mbipụta Nke** AtọỌhụrụ **- 2010**
Mbipụta Nke Anọ - 2015
Mbipụta Nke Ise - 20209

© **Chinedum E. Ofomata**

**ISBN: 978 - 34737 - 6 - X**

O nweghị Onye, Ndị maọbụ **Ụlọọrụ ọbụla nwere ike ịkọpịrị n'ụdị n'ụdị ọbụla maọbụ bipụta ihe**

**ọbụla dị n'ime akwụkwọ a na-ebughị** ụzọ nata onye dere ya maọbụ ulọọrụ bipụtara ya ikike zuru oke.

## NDỊNAYỊTA


**IsiSI IhuHUa AkwụkwọKWỤKWỌ** - 

**Okwu Mmalite** - - - - 5

**Nke Mbụ** - - - - - 7
**Ugonna Agawa Odibo** - - - 7

**Nke Abụọ** - - - - - 16:
**Ugonna Chọrọ Ịgụ Akwụkwọ** - - 16-

**Nke Atọ** - - - - - 22:
**Ugonna Ga-akpata Ego Ụgwọ Akwụkwọ Ya** - - - - 22

**Nke Anọ** - - - - - 32:

**Ugonna Ebidola Akwụkwọ - - 32**

**Nke Ise - - - - - 45:**
**Ugonna Akọọrọla Maazị Chukwumara Ọnọdụ Ya - - 45**

**Nke Isii - - - - - 59:**
**Ugonna Eriela Mbọmbọ Ọsọ - - 59**

**Nke Asaa - - - - - 73:**
**Iwe Dị Ugonna N'obi- - - 73**

**Nke Asatọ - - - - - 86:**
**Izuegbe Arịọla Ndị Be Ugonna Ha Mgbaghara - - - - 86**

**Nke Itoolu - - - - - 94:**
**Ugonna Na-Azụzi Onwe Ya**

**N’ụlọakwụkwọ N’Udumoka** - - 94

Ajụjụ Gbasara Akwụkwọ A Bụ Ugonna - - - - 108

## Okwu Mmalite

**Ndụ anyị nọ n'elu ụwa a bụ nke jupụtara n'echiche banyere ọnọdụ anyị na nnọzi anyị n'ime ụwa anyị hụrụ onwe anyị na ya. Echiche banyere ihe a ga-eme, ~~na~~ otu -a ga-esi mee yame, na otu a ga-esi ~~were~~ soo ụwa, anaghị ekwe anyị ńụọ mmiri tọgbọ iko. Ma ndị ụwa diịrị mma, ma ndị ụwa na-anya n'eze, o nweghị onye lakpuru, rahụ.**

**Onye ọ diịrị mma na-achọ otu ọ ga-esi kawanyere ya_m–ma, echi. Onye a hụghị tụtụrụ rachaa, a na-achọ otu ọ**

ga-esi were si n’elu ik̲łpo ahụhụ o dina na ya, were kulie.

Mana, ọnọdụ ọbụla ị hụrụ onwe gị n’ụwa a; were obi ọcha sowe ya. O nweghị onye maara echi. Echi ebuk̲ła. Chetakwa na ihe ọbụla ị na-eme mmadụ ibe gị maọbụ nke ọma, maọbụ nke ọjọọ, nwere ụgwọ ya. Maka na ihe ọbụla e mere mmadụ na-adị onye ahụ n’uche.

Kwụsị ime ihe ga na-atọ naanị gị ụtọ. Gbaa mbọ na-eme ihe ga na-atọ Chineke ụtọ mgbe niile. E mekwala mmadụ ihe n’ihi na i chere na o nweghị onye ga-ekwuru ya. Ọkpụrụkpụ asị! Chineke ga-ekwuru ya! A gbakwala ọsọ ma o ruo̧, n’ihi na olu na-agụ onye gburu mmadụ ọ chọrọ ka onye kpeere ya ọnụ ya?

# CHINEDUM E. OFOMATA

# Isi Nke MbụISI NKE MBỤ

# UGONNA AGAWALA ODIBO N'OWERE

**Ugonna bụ nwatakịrị a mụnyere n'ime ụbịam. Aha nna ya bụ Mmadụfọrọ. Aha nne ya bụ Ihudiya. Ha dị ụmụaka itoolu nne ha na nna mụtara. Aha obodo ha bụ Udumọka. Ugonna bụ onye nke ise n'ọnụọgụ. Ọ bụ naanị otu afọ ka nwa nke itoolu gbara mgbe nna ha nwụrụ. Ọ bụ ụgbọala higburu nna ha n'ụzọ awaraawara ebe ọ nọ n'elu anyịnyaigwe ya were na-**~~agara~~ aga mgbaru na nke **ndị ọgọ ya** ~~mgburu~~ **maka onye** nke **ha nwụrụnụ. Ọnwụ ya wutere ndị** obodo ya bụ ndị **Udumọka** ~~ndị obodo ya~~**. Ihe o jiri wute ha nnukwu bụ maka ụmụaka ọ hapụrụ were nwụọ. O nweghị ndị ga-azụ ha. Naanị nwunye ya bụ Ihudiya agaghị emenwu ihe dị na ya.**

**Tupu Mmadụforo anwụọ, ọ bụ ọrụ ugbo ka ya na nwunye ya bụ Ihudiya na-arụ. Ụmụ ha niile na-esokwa ha arụ ọrụ ugbo. Ọ bụ ihe ha kpatara ka ha na-eri. N'ezie, ihe adịghịrị ha mfe chaachaa. Ụwa bụụrụ ha akpụ nkụ. Ụbọchị ha hụrụ nri, ha erie. Ụbọchị ha ahụghị, ha eburu ọnụ.** ~~mana~~Mana, **ozigbo Mmadụfọrọ nwụchara, ihe isiike were karịa n'ezinaụlọ ya. Ahụhụ dị egwu were gbaa nwunye ya bụ Ihudiya na ụmụ itoolu ha mụtara, okirikiri. Naanị Ihudiya anaghịzi akpatanwu ihe ụmụ, ya na di ya mụtara, ga-eri. Ụfọdụ n'ime ụmu ha kwụsịrị ịga akwụkwọ n'ihi na ego eji azụ ha adịghị. Ugonna sokwa na ndị kwụsịrị ịga akwụkwọ n'ihi ihe isiike. Ikwu-na-ibe ha enweghịzi onye na-ajụ ase ha. Ha malitere hụwa onwe ha dịka ndị mmiri tabidoro n'ime ụwa a.**

**Ugonna malitere gwawa nne ya na ọ bụrụ na o nwee onye ọbụla si obodo mepere emepe, na-achọ odibo ọ ga-akpọrọ, na onye ahụ chọrọ odibo bịa be ha, na ọ ga-eso ya. Na akwụkwọ ọ naghịzi aga na-agba ya anyammiri. Ụfọdụ n'ime ụmụnne Ugonna nwekwara ụdịrị nkwenye a n'ihi na a nọghị otu ebe ekiri mmọnwụ.**

**Ọ na-abụ ihe mekarịa mmadụ, onye ahụ amalite riwe ihe ọ na-asọ. Na mbụ, Ihudiya anaghị achọ ka o were ntị ya nụ na nwa ya ga-eje be onye ọzọ biri n'ihi akụkọ jọgburu onwe ya ọ na-anụ banyere ọnọdụ ụmụaka ụfọdụ a kpọnyere ndị mmadụ n'obodo mepere emepe. Ihudiya hụrụ ụmụ ya n'anya nke ukwu. Ọ naghị achọ ka o nwee ihe ọbụla mere ụmụ ya. Ọ na-asị Chukwu mgbe niile na o**

**nwee ihe ọbụla ga-eme ụmụ ya, ihe ahụ buru ụzọ mee ya.**

**Ndị Igbo sị na ọ bụ agụụ kpatara a jụchaa a nara. Mgbe Ihudiya hụrụ na ihe isiike dị na be ya na-akawanye njọ, ọ malite kpọpụwa ụmụ ya ụfọdụ. Nwa izizi o bu ụzọ kpọpụ bụ Ugonna n'ihi na Ugonna bụ nwa ya bu ụzọ gosi mmasị na ọ chọrọ isi be ha pụọ ga_g–baa odibo ijiri hụ na ọ gụrụ akwụkwọ ma nwetakwa ọzụzụ kwesịrị na nwata ga-enweta. Na ọ bụrụ na ọ nọdụ** na **be ha na ọ ga-echu** ma ńachaa ka akwa**. Ụwa** ya **n'ọdịniihu ga-abụ nke ga-ejupụta n'ahụhụ na ịta aka n'ọnụ. Ugonna kwenyesịkwara ike na ọ bụrụ na ọ hụ onye ọ ga-agbara odibo, na onye ahụ ga-azụ ya n'ụlọakwụkwọ praịmarị na kwa kọleji.**

Ndị kpọọrọ Ugonna bụ di_n-a nwunye bi n’Owere. Ha bụ ndị Okwụebu. Ọkwụebu bụ obodo dịdebere Udumọka. Ọ bụ site n’aka onye Udumọka aha ya bụ Izuegbu ka ha siri ga kpọta Ugonna. Aha di na nwunye ahụ bụ Ọnwụekwe na Ijemma. Ọnwụekwe na nwunye ya bụ Ijemma na-arụ ọrụ bekee n’Owere. Ha amụtarala ụmu ise. Ụmụ ha ise ahụ abanyerchaala n’ụlọakwụkwọ praịmarị na kwa nke ọtaakara. Atọ n’ime ha nọ na praịmarị, ebe abụọ n’ime ha ka nọ n’ọtaakara. O nwnere nwatakịrị nwaanyị ha na_y–a bibu. Aha nwata ahụ bụ Chikeremma. Ha na Chikeremma si n’otu obodo. Mana Chikeremma alaala na be ha n’Ọkwụebu tupu ha kpọta Ugonna.

Ọ bụ mgbe Izuegbu na-arụ ọrụ bekee n’Owere ka ya na Ọnwụekwe matara. Ha abụọ rụkọrọ ọrụ n’otu ulọọrụ

n’Owere tupu Izuegbu were lawa **ezumike nka n’ọrụ bekee. Kemgbe Izuegbu kwụsịrị ịrụ ọrụ bekee, ọ naghị akọ ụkọ n’Owere. Otu ọkpa ya dị n’obodo ya bụ Udumọka. Ọkpa ya nke ọzọ dị n’Owere n’ihi na ọ bụ ebe ahụ ka ọ na-anata ego ụgwọọnwa ezumike nka ya.**

~~ezinaụlọ~~Ezinaụlọ **Mmadụfọrọ na Izuegbu dị na mma nke ukwu. Mgbe Mmadụfọrọ nọ ndụ, ya na Izuegbu bụ nnu na mmanụ n’Udumọka. Oge ahụ, ọ na-abụ Izuegbu si Owere ebe ọ na-arụ ọrụ bekee lọta, onye izizi ọ na-ajụ ase ya bụ Mmadụfọrọ. Ọ bụkwa naanị na be Mmadụfọrọ ka ọ na-apụ ọrịrị. Ha abụọ na-akọrọ onwe ha mkpa ha. Ọnwụ Mmadụfọrọ wutere Izuegbu nke ukwu.**

**Ụbọchị Ọnwụekwe na Ijemma jere kpọta Ugonna, ọ bụ ha na Izuegbu yị.**

**Maka na ọ bụ site n'aka Izuegbu ka ha siri mata ezinaụlọ Mmadụfọrọ. Ọ bụ na praịmarị nke atọ ka Ugonna gụruru akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ dị n'Udumọka tupu ọ kwụsị ije akwụkwọ n'ihi ihe isiike na oke ahụhụ dị na be ha. O sozi nne ya were na-aga ọrụ ugbo. Mgbe ọbụla ọ hụrụ ụmụaka ibe ya ka ha na-aga akwụkwọ, ọ na-ebe akwa nke ukwu. Ọ malite bewe akwa, nne ya ~~na-~~esoro ya bewe. N'ezie, obi na-agbọwa Ihudiya mgbe ọbụla banyere ọnọdụ ya na ụmụ ya hụrụ onwe ha n'ụw-a_a.**

**Mgbe Izuegbu kpọọrọ Ọnwụekwe na Ijemma bịa ka ha kpọrọ Ugonna, Ihudiya g~~h~~wara ha na naanị ihe ọma ha ga-emere ya na nwa ya bụ itinye~~kwa nwa~~ ya n'ụlọakwụkwọ ka ọ malitekwa gụwa akwụkwọ. O mere ka ha mata na o nweghị mgbe ọ na-atọ ya ụtọ ịkpọnye onye ọzọ nwa ya**

**ka ha biri. Mana ugbua, na o mewela ya n'ihi na ihe ka nte abịakwutela nte n'ọnụ. Ọnwụekwe na Ijemma kwere Ihudiya nkwa na ha ga-etinye Ugonna n'ụlọakwụkwọ ozigbo ha rutere Owere.**

**Mgbe Ugonna na-ahapụ ụmụnne ya ndị ọzọ na nne ya aga Owere, obi na-atọ ya ụtọ mana anyammiri mwute na-agba ya. Obi ụtọ ya bụ maka na ọ ga-amalite gụwakwa akwụkwọ dị ka ụmuaka ibe ya. Mana obi mwute o nwere bụ maka ahụhụ jupụtara na be ha. ~~ka~~Ka Ugonna na-apụ, o lechara nne ya na ụmụnne ya anya na ụdịrị ọnọdụ ha nọ na ya, obi gbaa ya njọ. Ọ malitere bewe akwa. Ugonna ~~mechara~~ gwara nne ya ka ọ kwụsị ibe akwa n'ọpụpụ ya, n'ihi na ọpụpụ ọ na-apụ ga-ebelata ahụhụ dị na be ha. N~~n~~ne ya gwara ya ka ọ gbadokwa anya nke ọma n'ihe a na-akụziri ya. Ka anya**

**ruo ya ala n'Owere n'ihi na Chineke nwogbenye ga-anọnyere ya.**



akwa n'opụpụ ya, n'ihi na opụpụ o na-apụ ga-ebelata ahụhụ di na

*di na be ha. Ugonna gwara nne ya ka o kwụsị ibe akwa n'opụpụ ya.*

## isi nke abỤỌIsi Nke Abụọ

## UGONNA CHỌọRỌọ ỊGỤụ AKWỤụKWỌọ

**Ugonna agbagotala Owere. owere**Owere **eteghị aka n'obodo ya bụ Udumọka. Ugonna nwere ezigbo aṅụrị** obi ụtọ **na ọ hapụla be ha n'Udumọka were wụchie n'obodo mepere emepe. Isi ọṅụ ya bụ na ọ bịaruola ebe ọ tụrụ anya na a ga-eduzi ya ụzọ ma nyekwa**

**ya ọzụzụ bụ ịgba. Olileanya Ugonna bụ na Chineke Nna bi n'eluigwe ga-emwere ya dị ka otu ọchịchọ** obi **ya na mkpa ya siri dị n'ala Owere ọ hụziri onwe ya na ya** ugbua**. Gịnị kacha bụrụ mkpa na ọchịchọ** obi **nwatakịrị dị ka Ugonna? Ịgụ Akwụkwọ! Mgbe niile ka Ugonna na-agwa Chi ya na ihe ọma kacha ihe ọma mmadụ ga-emere ya n'ụwa a bụ ịzụ ya n'ụlọakwụkwọ.**

**Ugonna ji obi ọcha bata n'ezinaụlọ Ọnwụekwe n'Owere. O ji ọńnụ na mmasị zuru oke were na-ahụta onwe ya n'etiti ndị be Ọnwụekwe na nwunye ya. Ugonna weere ụmụ ha ise dị ka ụmụnne ya. Ọ na-ahụta Ọnwụekwe na Ijemma dị ka nna na nne ya. Ugonna na-ahụtakwa nwa izizi Ọnwụekwe ha, dị ka ejima ya. Aha nwa izizi ha ahụ bụ Emezie. Ugonna ejighị Emezie egwuri egwu.**

Onye hụrụ otu Ugonna si akpaso Emezie agwa ga-eche ma ọ bụ otu nne mụrụ ha. ~~ihe~~Ihe ọbụla wutere Emezie ~~ga~~na-ewute Ugonna. Onye ọbụla chọrọ Emezie okwu ga-eche aka ghọrọ Ugonna. N'ezie, Ugonna na-elerukwa anya n'ebe ụmụnne Emezie ndị ozọ, nọ. ~~mana~~Mana ihe o jiri dịzịa ka nke Emezie ọ purụ iche bụ maka na ọ bụ nkwụ na nkwụ tokọọ, ha ajụkọọ igu.

Kemgbe Ugonna bịachara na be Ọnwụekwe, ihe gbasara ije ozi ezinaụlọ n'ebe ahụ bụzi akụkọ mgbe ochie. O nweghịzi ihe dị ka na ozi ezinaụlọ na-agbaji ha aka dị ka ọ dịbu mgbe Chikeremma hapụrụ ha, laa. N'agbanyeghị na Ugonna bụ nwatakịrị nwoke, ije ozi ezinaụlọ na-adị ya ka a na-aracha ụtụ. O nweghị ụdịrị ozi ọ ~~maghị otu e si~~ naghị eje. Ma ihicha ụlọ, ma ịsụ akwa, ma ighụ

ụmụaka ahụ, ma isi nri, **ma ozi mgbapụ na mgbabata, ha niile bụ ofe nkupu n'ebe Ugonna nọ.**

**Ugonna bụ nwata ike ọrụ dị. Ọrụ ọbụla e nyere ya rụọ anaghị ahịara ya ahụ nrụcha. Ugonna malite ịrụ ọrụ, ọ naghị ele anya n'azụ tutu na ọ rụchaa ọrụ a sị ya rụọ.** ~~ihe~~Ihe **Ugonna na-agwa onwe ya mgbe niile ma ọ na-arụ ihe ndị a gwara ya rụọ bụ "O nweghị ihe a gwara m rụọ ga-aka nke anyị na nne anyị na-arụ n'Udumọka. Nne** m~~n~~ **na nna m bụ ndị ahụhụ. Ha mụnyere mụ n'ite ahụhụ. Ahụhụ were zuo ma mụ, ma nne m, ma ụmụnne m, ahụ." Ihe ndị a Ugonna na-eche, na-eme ya ka o were obi ọcha** ~~were~~ **na-eje ozi ọbụla e ziri ya n'ihi na ọ bụ onye na-eribu ka ọ na-agụ.**

**Ozi ahụ niile Ugonna wepụtara obi ya niile na ike ya niile** ~~were~~ **na-eje n'ezinaụlọ Ọnwụekwe bụ ijiri mee ka**

**obi dị ndị kpọtara ya_m–ma, ka ha were nwee ike tinyekwa ya n’ụlọakwụkwọ. Kwa abalị ọbụla, Ugonna lakpuo ụra, ọ malite rọwa nrọ ebe ya na ụmuakwụkwọ ibe ya na-egwurị egwu, ebe onyenkuzi na-ajụ ya ajụjụ na klaasị, ọ na-aza. Mana, o teta ~~n’ụwa~~ n’ụra were chọpụta na ọ bụ na nrọ ka ihe ndị ~~h~~ahụ na-akpọtụ, ahụ ajụọ ya oyi. Mgbe niile ka ọ na-adị Ugonna ka ọ malite ịgụ akwụkwọ nke taa, nke echi. Na ọkpurụkpụ ihe toliri ya akpịrị o jiri hapụ nne ya na ụmụnne ya were sowe Ọnwụekwe na Ijemma bụ ka o gụọ akwụkwọ.**

**O meela ọnwa abụọ Ugbonna gbagotara Owere. Kemgbe ahụ, ọ malitebeghị akwụkwọ dị ka o siri chọọ. Mana ọ na-enwe olileanya kara aka na ụkwa ruo oge ya, ọ daa. Ụdịrị ịhụnanya Ugonna nwere n’ebe**

ezinaụlọ Ọnwụekwe nọ mere ka o nwee nkwenye siri ike na o nweghị mgbe Ọnwụekwe na Ijemma ga-ebo ya nnu n'isi ma ha hakpo ya mmiri. Nkwenye Ugonna mgbe ọbụlka bụ na ha agaghị emegbu ya emegbu. O nwere nchekwube na o nweghị mgbe ha ga-ata ose bụọ ya n'anya n'ihi na obi ya bụ ụdara n'ebe ha nọ. Ugonna kwenyesịrị ike na oge eteghị aka na ọ ga-eburu akpa akwụkwọ ya, soro ibe ya gawa akwụkwọ ma sorokwa ibe ya lọtawa akwụkwọ. Nke kacha nke bụ ńụdiri ọńụ ọ ga na-enye ya ma ya na ụmụakwụkwọ ibe ya nọdụ.

Ọ bụ eziokwu na Ugbonna nwere ndidi were na-eche mgbe ọ ga-amalite akwụkwọ, mana o lechaa ụmu Ọnwụekwe ka ha kwadochara akwụkwọ gawea, ma hụkwa ha mgbe ha si akwụkwọ lọta, ọ dị Ugonna ka echi bụrụ ya taa. Mgbe ọbụla Ugonna si n'ime ụlọ pụta n'ezi were lepụ anya

hụchaa ụmụaka ibe ya ka ha dịcha sam, yirichaa akwa akwụkwọ ha, were na-eje akwụkwọ, akpịrị a na-etoli ya. Ọ batakwa n'ime ụlọ, ọ na-adị ya ka ya bụrụ ha. N'ezie, ịgụ akwụkwọ dị Ugonna mkpa karịa akwa ọ na-eyi n'ahụ. Ụbụrụ na-aghọkwa ya nkọ. Klaasị ndị nke ọ gụrụla agụ n'obodo ya bụ Udumọka, e lelechaa ule, ya na-agba onye nke mbụ. Mgbe niile ka Ugonna na –agwa onwe ya, ma mgbe ọ nọ be ha ma ugbua ọ nọ Owere, na kama a ga-enyeju ya afọ were kwụsị ya ịgụ akwụkwọ, kama ka a kwụsị inye ya nri ma hụ na ọ gụrụ akwụkwọ. O kwukwara na ọ kaara ya_m−ma ka ọ hapụ iri nri ugbua ma gụọ akwụkwọ ya nke ọma, o ruo n'ọdịniihu ka o rijɨuo afọ. Na ọ bụrụ na o rijuo afọ ugbua were hapụ ịgụ akwụkwọ, o ruo n'ọdịniihu o buru ọnụ. Na nke ihu ka!

## Isi Nke AtọSI NKE ATỌ

## UGONNA GA-AKPATA EGO ỤGWỌọ AKWỤụKWỌọ YAa

Ọ bụrụ na e kwe nwata nkwa, uche ya na-adị na nkwa ahụ tutu na e mezuoro ya nkwa e kwere ya. Mana, ọ bụrụ na nwata tụkata anya were hụ na a naghị emezuru ya nkwa e kwere ya, ọ na-echeerotakwara onye kwere ya nkwa na anya ka dịkwa ya bụ nwata n'ọsụkwụ akwụ. Otu ụbọchị ka Ọnwụekwe richara nri abalị, were oche nọdụ n'ihu ebe o bi, were na-

anara ikuku. Ugonna gakw~~u~~uru ya ebe ahụ. Ijemma alakpuola. Ụmụ ha nọ na-agụ akwụkwọ ha. Ugonna were sị Ọnwụekwe, “Nna anyị, biko e wekwala iwe, asị m ka mụ jụọ gị mgbe ~~m~~ mụ ga-amalite akwụkwọ n’ihi na otu mụ si anọ n’ụlọ anaghịzi atọ m ụtọ. Obi m niile dịzi n’ụlọakwụkwọ.”

Ọnwụekwe were sị ya, “Ugonna, nwa m nwoke, enyela nsogbu ọbụla. Ị ga-amalite ịgụ akwụkwọ n’oge eteghị aka. Mụ na nwunye m na-agba mbọ ịhụ na anyị tinyere gị n’ezigbo ụlọakwụkwọ. Mgbe ọbụla anyị jiri chọta ezigbo ụlọakwụkwọ kwesịrị ka ị nọrọ guọ akwụkwọ, ị malite akwụkwọ. Ị bụ ezigbo nwa. Anyị ga-agbalị hụ na i nwere ob~~n~~i ụtọ na be anyị a i bi. Kwụsị iche maka ya. Ana m agbasị mbọ ike banyere ya. Ugonna were sị ya, “Nna anyị, biko a sịkwala

na mụ na-ajụ gị ọtụtụ ajụjụ. Biko ewekwala iwe maka nsogbu mụ na-enye gị n'ihi na ọ bụ ka o siri dị m n'obi. Kedụkwanụ maka ụlọakwụkwọ Emezie? N'ezie, ọ ga-amasị m ka mụ na Eemzie nọrọ n'otu ụlọakwụkwọ." Ajụjụ nke a riri Ọnwụekwe ọnụ. Ọ maghị na Ugonna ga-ajụ ya ụdịrị ajụjụ ahụ. Ọnwụekwe gburu nwantakịrị oge tupu ọ zaa



Ugonna ajụjụ ahụ. Ọ chọghịkwa iji olu ike were zaa ya. Maka na o mee otu ahụ, Ugonna ga-achọpụta ozigbo na o nwere ihe dị n'akpa e kechiri ọnụ.

Ọnwụekwe were tuo ya aha, "Ugo o o! Ugo oo!!" Nke a bụ iji were tigharịa Ugonna anya n'ajụjụ ahụ ọ jụrụ ya, na kwa iji ohere ahụ nwewta ihe ọ ga-aza Ugonna. Ọnwụekwe mechaa were sị ya, "Ugonna nwa m nwoke, ajụjụ gị dị mma. Ụlọakwụkwọ Emezie ha bụ ezigbo ụloakwụkwọ. Ọ bụkwa ụlọakwụkwọ anyị bu n'obi itinye gị na ya. Mana agaala m ebe ahụ ọtụtụ ugboro maka iwere gị, mana onyeisi ụlọakwụkwọ ahụ ekweghị. O kwuru hoohaa na ohere iwebata onye ọhụrụ adịghị. Na klaasị niile ha nwere n'ụlọakwụkwọ ahụ,

**ejula. Na klaasị nke ị ga-amalite na ya ejula n'ọnụ karịa. Na ụmụakwụkwọ nọ na ya karịrị ole a tụrụ anya na ha kwesịrị ịdị. Emere m elu, mee ala, ọ sị m na ọ gaghị ekwe ya omume, naanị ma mụ chọrọ ka a chụọ ya n'ọrụ. Nwa m, ihe kpatara ụlọakwụkwọ ahụ ji eju eju ma gafee oke bụ maka na ọ bụ ezigbo ụlọakwụkwọ. Onye ọbụla chọrọ ka nwa ya gụọ ebe ahụ. Nwa m, obi ruo gị ala. Mụ na nwunye m ga-agba mbọ hụ na anyị tinyere gị n'ezigbo ụlọakwụkwọ ga-ama mma ka nke Emezie ha. Ngwa, jee rahụ ụra." Ugonna were obi ọcha kelee ya, were lakpuo.**

**Ihe karịrị mmadụ bụ ihe mmadụ amaghị maka ya. Ugonna bụ nwatakịrị obi ya dị ọcha. Mana ndị kpọgotara ya Owere bụ ndị okenye uche ha na echiche ha na-agbazu agụ**

ma jupụtakwa n'aghụghọ. N'ezie, ọkụkọ na-akpaghari̩, na-akpa nri, mana ọ maghị na ndị nwe —ya ekechaala anụ ya. Nke a bụ otu o siri ~~were~~ dị n'ebe Ugonna nọ. Ugonna nọ were na-eche ka Ọnwụekwe na nwunye ya tinye ya n'ụlọakwụkwọ dị ka ha siri kwee ya na nkwa, mana ọ maghị na ọ bụghị otu ahụ akịilu si ada n'ọnụ ka o si atọ. Ugonna aghọtaghị chaachaa na ndị kwọ ya n'azụ gbara m~~g~~bọ hụ na ọkpa ya abụọ na-akpụ n'ala.

Ozigbo Ọnwụekwe na Ijemma kpọgotachara Ugonna na be ha n'Owere. Ijemma~~ were~~ kpọọ~~o~~ di ya bụ Ọnwụekwe were sị ya, "Nnamukwu, ọ ga-adị mma ka anyị kpaa nke ọma otu~~ut~~ anyị na Ugonna ga-esi bie. Ọ kwa ị hụrụ na ahụhụ dị be anyị a. Ụmụ ole ka anyị mụtara~~ji~~?

**Ụmụ ise! Ha niile abachaala ụlọakwụkwọ. Ịkwụrụ ha ụgwọ akwụkwọ adịghị mfe ma ọlị. Naanị ihe oriri ha na-eri na-ewepụ anyị ihe n’a<u>h</u>ɨụ. Legodu anya, o nwere ebe ọzọ anyị si enwe<u>ta</u> ego. Mba! Naanị ụgwọọnwa anyị. Ọnwa a kwụghị anyị ụgwọọnwa, onye gbata ọ ghaa ibe ya. O bụkwa site n’ụgwọọnwa anyị ka anyị si egbo mkpa niile anyị nwere. Ọ bụkwa na ya ka anyị si enyere ndị nọ n’ụlọ, aka.”**

**Ọ bụ eziokwu na Chikeremma alaala be ha, mana tupu ọ laa, anyị na ya bitere aka. Ọ rụọrọ anyị ọrụ ma fee anyị nke ọma dị ka ezigbo nwatakịrị nwaanyị. Ụmụaka niile a anyị mụtara, ọ bụ ya nyeere aka kuo ha ma rụ<u>ọ</u>ɵkwa ọrụ ndị ọzọ ga. Chikeremma gbalịrị nke ukwu. Ana m atụkwa anya na Ugonna ga-agbalị**

**karịa Chikeremma. Anyị agaghị ejiri ọsọ tinye Ugonna n’ụlọakwụkwọ. Anyị mee otu ahụ, ị mara na anyị chọrọ igbu onwe anyị. Ihe anyị ga na-eche mgbe ọbụla bụ otu anyị ga-esi na-ebelata ahụhụ anyị. I chetakwara na ọ bụ mụ sị ka a chọwa nwatakịrị nwoke mgbe anyị malitere ịchọ onye ọzọ anyị na ya ~~a~~ ga-ebi. O nwere ihe mụ bu n’uche were tụta arọ ahụ."**

**“Anyị ga-ahapụ itinye Ugonna n’ụlọakwụkwọ tutu na o mee ọnwa ise maọbụ isii. Ọ bụrụ na ọ nọọ ọnwa abụọ maọbụ atọ, o doo anyị anya na ọ matachaala ala nke ọma, anyị amalitere ya mgbereahịa. Anyị achọọ nwobere ngwaahịa bunye ya, o soro ụmuaka ibe ya kpaghariwa ma kpatawara anyị ego. Ọ bụghị anyị ga-ahụ maka ego ọbụla Ugonna ga-eji gụọ akwụkwọ. Ugonna ga-ahụ maka ya site na mgbereahịa anyị ga-ebidoro**

**ya. Nnamukwu, ị nụrụ ihe m na-ekwu? Ugonna ga-akpata ego ụgwọọ akwụkwọ ya!!.”**

**“Ụmụaka niile ndị ahụ na-ebughari ahịa**, ha na Ugonna, onye toro? Ugonna toro ọtụtụ **n’ime ha. Ugonna bụkwa nwata kara aka ma bụrụkwa nwata na-**



agba mbọ. Ọ ga-abara anyị uru, anyị abaara ya uru. Ọzọ kwa bụ na mgbe ọbụla anyị ga-etinye ya n'ụlọakwụkwọ, anyị gbaa mbọe tinye ya n'akwụkwọ ehihie. Nke a ga-enyere anyị aka nke ukwu. Ọ bụrụ na ọ rụchaa ọrụ dị n'ụlọ, buru ngwaahịa rechaa n'ụtụtụ, ehihie ọ lọta, kwado gawa akwụkwọ. Ihe a bụ ihe anyị ga-eme. Ụwa a ma-esi ike n'ike n'ike. Ọ bụrụ na nanyị arachaghị ọnụ anyị, ụgụrụ anara anyị ya rachaa. *Ụgọnna ga-akpata ego ugwo akwụkwọ ya!!.”* Ndewo!!!.”

Ọnwụekwe kwetara n'atụmatụ a nwunye ya wepụtara n'ihi na ọ sị na

e jighị ọkụ aga n’ehihie. Ndị Igbo sị na a kpaa akpa were gbuo nwaada, ọ naghị awa n’afa. Ha abụọ jikọzịa aka ọnụ were malite mewe Ugonna pọọọ piịị.

## I~~i~~si N~~n~~ke A~~a~~nọ~~Ọ~~

## UGONNA EBIDOLA AKWỤ~~ụ~~KWỌ~~ọ~~

Ugonna ebidokwala akwụkwọ dị ka o siri chee. Ọnwụekwe etinyela ya n’ụlọakwụkwọ. Mana ụdịrị ụlọakwụkwọ o chọtaara Ugonna abụghị ụdịrị ụlọakwụkwọ Ugonna~~ọ~~ tụrụ anya ya. Ugonna chere na ha ga-etinye ya n’ụlọakwụkwọ praịmarị bụ ọkpọkọpị, mana ụlọakwụkwọ ha

**kwabagara ya na ya bụ tooroo. N'ezie, Ugonna tụrụ anya na ha ga-enye ya ewu, ha nwunye ya ọkụkọ. Ọ bụ eziokwu na ewu na ọkụkọ bụ anụ anụ mana ọtụtụ ihe dị iche dị n'etiti ha abụọ. Otu ọkpurụkpụ ihe dị iche bụ na ọkụkọ nwere naanị ọkpa abụọ ewu nwee ọkpa anọ.** Okpurukpu ndịiche ozọ dịkwa n'etiti ha abụọ bụ na ọkụkọ na-enwe abụba, mana ewu na-enwe aji. **Ugonna naara ọkụkọ a nwụnyere ya, mana anya ya ka dị**kwa **n'ewu. O kwuru ma nwee nkwenye kajara akaja na otu o si efe Ọnwụekwe na ezinaụlọ ya kemgbe ọ bịara na nke ha, kwesịrị ka o mee ha ka ha na-enye ya ihe chara acha mgbe ọbụla ha chọrọ inyere ya aka.**

**Mana onye a jụrụ anaghị ajụ onwe ya. Onye a na-enye enye bụ nke ọbụla e nyere ya, ọ nara._—Onye arịrịọ**

anaghị agba nhọ. Nwogbenye a na-emere emere bụ ebe ọbụla a kwajere ya, o do ihu ebe ahụ. Ọ bụrụ na Ugonna si n'ezinaụlọ nwere aka, ọ gaghị agbara mmadụ odibo, ma ya fọdụzikwa onye ahụ izụ ya n'akwụkwọ. Naanị ihe dị n'ụwa a bụ mmadụ iji obi ọcha nabata ọnọdụ ~~ọbụla ọ~~ọbula ọ hụrụ onwe ya na ya.

Ụlọakwụkwọ Ọnwụekwe na Ijemma tinyere Ugonna na ya bụ n'ụlọakwụkwọ a na-agụ akwụkwọ n'ehihie. Ugonna nọzuru ihe karịrị ọnwa isii tupu ha were jisizie ike tinye ya n'akwụkwọ ehihie. Atụmatụ ha n'ebe Ugonna nọ gaara ha nke oma karịa otu ha chere. Naanị ihe mwute dị na ya bụ na ọ bụghị otu Ugonna siri were ha n'obi ya ka ha siri were Ugonna n'obi nke ha. Kemgbe Ugonna batara na be ha, o nwebeghị

eziokwu ọbụla ha gwara ya. Naanị ịghọgbu ya mgbe niile ka ha na-arụ. Ugonna bụ nwatakịrị. O nweghị uche aghụghọ ọbụla. O na-ewere ihe ọbụla ndị ha na ya bi gwara ya dị ka eziokwu.

Ugonna malitere na praịmarị nke anọ n'ụlọakwụkwọ ahụ ọ nọ na ya ugbua. Ọ gụọla praịmarị nke atọ n'Udumọka. Ọnwa niile ahụ ọ nọrọ n'ezinaụlọ Ọnwụekwe n'Owere tupu ọ malite ịgụ akwụkwọ ehihie abụghị na nkịtị. Mgbe ahụ ka ya na mgbereahịa na-eme. Oz̲igbo Ọnwụekwe na Ijemma hụrụ na ọ matala ala n'Owere, ha malitere ya ahịa mbugharị. Ndị Igbo sị na onye kuliri ọtọ nwere ebe ọ na-eje. He mere nke a ijiri hụ na ọ na-akpatara ha ego, ma kpatakwa ego a ga-eji bidoro ya akwụkwọ. Tupu ha malite

**idupu Ugonna maka iretara ha ego, ha gwara ya sị ya, "Ugonna, ị chọtara gị ụlọakwụkwọ bụ nke anyị na-agbasi mbọ ike maka ya. Ihe a bụ obodo mepere emepe. Ị chọtara onye ọbụla si ime obodo, ụlọakwụkwọ, n'ụdịrị obodo a, na-abụ ihe siri ezigbo ike. Ọtụtụ ụlọakwụkwọ praịmarị anaghị anabata nwatakịrị ọbụla si ime obodo bịa ka ọ gụọ akwụkwọ na nke ha.** ~~mana~~Mana **nkwa anyị na-ekwesi gị ike bụ na ị ga-amaliterịrị igụ akwụkwọ n'oge eteghị aka. Obi sie gị ike. Anyị nọ ya! Anyị agaghị ahapụ gị! Ugonna, ọ kwa ị maara na ọ ga-adị mma ka anyị chọtara gị ihe ị ga na-eme tutu ruo mgbe anyị chọtaara gị ụloakwụkwọ. N'ihi na nkịtị adịghị mma ọnụnọ. Ị ga-amalite soro ụmụaka ndị ọzọ bugharịwa ahịa mbugharị tutu ruo mgbe ị ga-amalite akwụkwọ. Nke a ga-eme gị ka ị hapụ**

ịdị na-echeta na ị malitebeghị akwụkwọ. Ọnọdụ dị otu ahụ ga-emekwu ka anyị gbalịa karịa otu anyị nwere ike ijiri hụ na ị banyekwara n’ụlọakwụkwọ. Ugoo! Nwa bekee, i cheta anyị, obi sie gị ike!! Nna a, ị nụla ya!!!”.

Ugonna kwee n’ì~~i~~sì~~i~~ ijiri ~~were~~ nabata ihe ha gwara ya. Onye isi ka a sị na ọgọ ya nwaanyị ga-abịa, ọ sị na ya nọ na-ele n’anya. Ugonna gwara Ọnwụekwe na Ijemma na ọ nabatara atụmatụ ha, n’ihi na ihe a na-achọ n’ike ọkụ bụ azụ. Ọnwụekwe na Ijemma tụliri mma ha elu ma ghọrọkwa ya n’ihi otu ijiji siri bere n’azịza a ga-eji pịagbuo ya.

Kemgbe ahụ ka ahụhụ Ugonna malitere rịwa ibe ya elu. Oge Ijemma ji akpọlite Ugonna n’ụra bụ n’elekere

**anọ nke ụzụ ụtụtụ. Tupu Ugonna alakpuo ụra n'abalị, ọ ga-ahụ na o nweghịzi ozi ọzọ a ga-eje n'ụbọchị ahụ. Ọ ga-amụkwa anya tutu ụmụ Ọnwụekwe na Ijemma alakpuchaa ụra. Ọnwụekwe na Ijemma na-ebukwa Ugonna ụzọ alakpu ụra. Ihe Ugonna ji eche ka ha lakpuchaa tupu ya onwe ya** alakpuo ụra nke ya**, bụ maka ozi ọbụla nwere ike ịdapụta. Ọ bụrụ na ha lakpuchaa, Ugonna akpọchichaa ụzọ niile, menyụchaa ọkụ, were ute a zụtaara ya o ji** ~~Edina~~ edina **ala ga tọọ~~o~~ ya n'ebe ọ na-edina, rahụ ụra. Ugonna kulite n'ụra oge ahụ Ijemma ji akpọlite ya, ọ ga-ewere azịza zachaa ebe niile. Ọ na-ewere akwa hichachaa ebe niile, sachaa ihe niile dị mma ọsụsa. Tupu nneyaukwu, nnayaukwu, na ụmụ ha ga-eteta n'**ụra, Ugonna emechaalarị ihe niile, jee ozi niile kwesịrị ka o jee, sie ihe

nneyaukwu chọrọ ka e sie n'ụtụtụ ahụ. Umụ Ọnwụekwe na Ijemma si n'ụra kulite, Ugonna akwadochaa ha akwụkwọ, ma hụkwa na ha richara nri n'otu n'otu tupu ha agawa akwụkwọ.

Ọ bụrụ na mmadụ niile pụchaa, Ọnwụekwe na nwunye ya gawa ọrụ, ụmụ ha gawa akwụkwọ, Ugonna akpọchie ụzọ, buru ihe ndị a zụtaara ya ọ ga-ere gawa ahịa mbughari. Ahịa izizi ọ malitere bughariwa bụ ahịa mmiri. Ọrụ Ijemma bụ iga butere Ugonna ahịa ọ ga na-ere, dọwara ya n'ụlọ. Ugonna nwezi ire ya ere.  Ugonna pụọ oge ahụ o ji apụ, nlọta ya na-abụ na mgbede abalị, ihe dị ka elekere isii nke mgbede. Ọ na-ereta ezigbo ego tupu ọ lọta. Onye ọ na-akwụnye ego ọ na-ereta bụ Ijemma. Ijemma na-agba mbọ hụ na mmiri abaghị kọbọ ọbụla Ugonna na-ereta n'ahịa, ntị.

Ndị Igbo si na ọ na-abụ ụra tọwa ụtọ, e kwowa ya ekwo. Mgbe Ọnwụekwe na Ijemma hụrụ ụdịrị uru si n'ahịa mbughari apụta, ha were tụta arọ na Ugonna ga-erewekwu ma mmanya otọbịrịbịrị. Ijemma gara bute akpati mmanya otọbịrịbịrị abụọ wụnye n'ite njụoyi ha nwere maka ịjụ oyi. Ọ gwa Ugonna ka ọ na-ere ya na mmiri. Ugonna bụ nwatakịrị dị ike ọrụ. Ego ọ na-ewelatara nneyaukwu n'ụbọchị na-ebu ibu. Ọ naghị ahịara ya ahụ tupu o rechaa ngwaahịa a dọwaara ya. Ọ gwụ, nneyaukwu aga butere ya ozọ. O nweghị ọwarị niile dị n'ala Owere, Ugonna anaghị agba ọkpa. Nke a bụ mbọ o na-agba ịjiri rechapụ ahịa o bu. Kemgbe Ugonna malitere bughariwa ahịa, o fuola uzọ ihe karịrị ugboro atọ.



*dụ niile pụchaa, Ọnwụekwe na nwunye ya gawa ọrụ, ụmụ ha gawa akwụkwọ, Ugonna akpọchie ụzọ, buru ihe ndị a zụtaara*

Ọ bụ ndị mmadụ na-enyere ya aka, ọ chatakwa ụzọ o si ala ebe ha bi. O jechaa lọta wee kọwara nneyaukwu na o furu ụzọ, nneyaukwu na-eji mba aghụ ya ahụ. Ọ na-agwa ya na o kwesighị ifu ụzọ n'ihi na ụmuaka ndị ọzọ na-erekwa ụdịrị ahịa ahụ ọ na-ere, anaghị efu ụzọ.

Mana ihe kacha ewute Ugonna bụ na ọ bụ ọ tachaa ahụhụ niile ahụ ọ na-ata, lọta, o malitekwa jewe ozi niile dị n'ụlọ n'ezughị ike ọbụla. Ụmụ Onwụekwe na Ijemma enweghị ihe ọbụla ha na-emetụ aka n'ụlọ. Ọ bụ Ugonna n'elu, Ugonna n'ala. Otutụ mgbe ka anyammiri na-agba Ugonna maka ụdịrị onọdụ nwatakịrị dị ka ya na-ahụta onwe ya na ya. Ijemma n'onwe ya bụ naanị iti iwu ihe a ga-eme na otu a ga-esi mee ya ka o nọ n'elu ya. O nweghị ihe ọ na-emetụzi aka n'ezinaụlọ ya n'ihi na Ugonna nọ

ya. Onwụekwe bụ nke a gwara ya, o kwe.

N'ezie, ahụhụ Ugonna na-ahụzi onwe ya na be Onwụekwe na-ata ya mmiri n'ahụ. Mana ọ tachiri obi ya n'ihi na o kwenyesịrị ike na onye ihe dị mkpa enweghị ndidi, o gaghị enweta ya. Olileanya Ugonna bụ na ọ ga-adị mma n'oge ikpeazụ. Na ọ bụrụ na o bido akwụkwọ, na ahụhụ ya ga-ebelata.

Ka Onwụekwe na nwunye ya bụ Ijemma hurụ na Ugonna azụpụtala ezigbo ego, ha sizie n'ego ahụ o zụpụtara were bidoro ya akwụkwọ ehihie. Ha mere nke a ijiri hụ na ihe ndị ahụ Ugonna na-eme tupu o malite akwụkwọ erighị mperi. N'ezie, Ugonna na-eche na ọ bụ o bido akwụkwọ, ahụhụ ya ebelata. Mana ọ bụ ka ọ malitere

akwụkwọ ka ahụhụ ya puru eze, were na-achọ ka ọ tagbuo ya.

Tupu Ugonna agawa akwụkwọ n'ehihie, ọ ga-emechariri ihe ndị o kwesịrị ime di ka o si emebu. Mmadụ niile pụchaa, o burukwa ihe gaa ree, reta ego dowere nneyaukwu tupu ọ gawa akwụkwọ n'ehihie. Ọtụtụ oge ka ọ naghị aga akwụkwọ n'oge n'ihi na ọ naghị emecha ihe ndị o nwere ọ ga-eme n'oge tupu igụ akwụkwọ amalite. Ọ nọdụkwanụ na klaasị, ọ na-arahụ sọ ụra n'ihi ike ọgwụgwụ. Ọ naghị aghọta ihe a na-akụzi na klaasị. Mgbe ụfọdụ ka nneyaukwu na-enye ya ihe ndị ọ ga-eresị ụmụakwụkwọ ibe ya, dị ka chịmchịm na kpọfụkpọfụ. Ugonna si n'ụlọakwụkwọ ha lọta na mgbede anyasị, ọ malitekwa tawa ahụhụ ndị nke jupụtara n'ụlọ na-eche ya.

N’ezie, obi adịghịzi Ugonna mma, Obi ụtọ o jiri gbagota Owere aghọọlara ya akwa arịrị. Anyammiri na-adịzi ya n’ihu mgbe ọbụla. Mana ọ na-ebe, ọ na-ezo ihu mgbe ọbụla. Ọnọdụ a na-echetara ya ụwa ya. Owere ọ nọ agbụla ya. Naanị Udumọka na-abịazi ya n’uche mgbe niile. Maka na ogu karịa ogu, onye ọbụla achọwa ụzọ be nna ya.

# Isi Nke Ise

## UGONNA AKỌỌRỌLA MAAZỊ CHUKWUMAARA ỌNỌDỤ YA.

Ọ bụ kwa mgbe ọbụla ka onyenkuzi Ugonna ha na-apịa ya ụtarị maka akwụkwọ o naghị abịa n'oge. Aha onyenkuzi ha bụ Maazị Chukwumaara. Maazị Chukwumaara na-akwụba Ugonna ọtọ na klaasị ma Ugonna malite ịrahụ ụra oge nkuzi na-aga n'ihu. Ugonna mechara gakwuru Maazị Chukwunaara na teburu ya, ebe ọ nọ na-atụle ihe ụmụakwụkwọ deere ya. Ndị klaasị Ugonna ha nọcha n'ezi na-egwuri egwu oge ahụ. Maazị Chukwumaara gwara ha ka ha gbagharịa n'ezi nwantakịrị oge ma batakwa na klaasị.

Ugoona were sị Maazị Chukwumaara, "Onyenkuzi m, biko ewekwala iwe, o nwere ihe mụ chọrọ igwa gị." Maazị

Chukwumaara kwụsị ihe ọ na-eme were sị ya kedụ ihe ọ bụ. Ugonna hichaa anayammiri na-agba ya n'anya were sị ya, "Biko, abịara m ka mụ rịọ gị ka ị kwụsị ịpịa m ụtarị na ịta m ahụhụ na klaasị maka agwa ụfọdụ mụ na-akpa dị ka abịaghị akwụkwọ n'oge. Onyenkuzi m, n'ezie ana m ata oke ahụhụ n'ebe mụ bi. Ndị mụ bi be ha ji m mere nkịrịnka akwa e ji echicha ụlọ. Ihe mụ na-agabiga n'ebe ha nọ na-eri m ọnụ mgbe niile. N'aha Chineke, ejirila m anya m hụ ntị m. Amaghị m na ụwa dị otu a. Legodu otu mụ na-adị were na-abịa akwụkwọ. Ọ bụ otu a ka nwa mmadụ bụ nwataakwụkwọ, kwesịrị ka ọ na-adị. Leenụ akwa mụ yi n'ahụ, ma akpụkpọụkwụ mụ gba n'ọkpa, ha niile dọkachara adọka. Aga m akọ ole hapụ ole. Kemgbe mụ bịara Owere a, akpụbeghị m isi. Legodu ntutu isi m. Anọ m ndụ mana anwụrụ m anwụ.

Legodu m anya, ọ bụ otu a ka nwatakịrị bụ nwa mmadụ na-adị. Ụwa nke m ọ dị iche? Ọnwụ bịa ugbua aga m anwụ n'ihi na ụwa na-emesi m ike. N'ezie, ike agwụla m! Ike agwụla m!! Ike agwụla m!!! Aga m ….''

Ugonna malitere bewe nnukwu akwa n'ihu Maazị Chukwumaara. Akụkọ Ugonna kọọrọ Maazị Chukwumaara banyere ọnọdụ ya gbara Maazị Chukwumaara anyammiri. O hichaa anya ya were jụọ Ugonna maka ndị be ha. Ugonna kọọrọ ya ihe niile banyere ndị be ha. O nweghị ihe ọbụla Ugonna zooro ya ezo. Maazị Chukwumara hihie n'isi ma hulatakwa isi ya ala n'elu teburu ya. O mechaa welitekwa isi ya elu, gwa Ugonna ka o ga nọdụ ala n'oche ya na klaasị ma kwụsịkwa ibe akwa. Ubọchị ahụ niile, Maazị



Chukwumaara enwetaghị onwe ya. Ihe Ugonna kọọrọ ya na-awụ ya akpataoyi n'ahụ. Echiche banyere ihe ụfọdụ ndị mmadụ na-eme ụmuaka, ha si be nne ha na nna ha kpọpụta ekweghịzi ya mara ihe ọ na-eme na klaasị ụbọchị ahụ. Maazị Chukwumaara nọtụ nwantakịrị na klaasị, ọ were nwayọọ welite isi ya elu, lee Ugonna anya gbachịkwa nkịtị mewekwa ihe ọ na-eme. Ọ malite ozigbo tawa onwe ya ụta maka ahụhụ ọ na-ata ụmụaka ụfọdụ na klaasị ya ma ha daa iwu ụlọakwụkwọ na-ebughị ụzọ chọpụta ihe dubara ha na ya.

Ozigbo Maazị Chukwumaara laruru na be ya ụbọchị ahụ, ihe ọ jiri gwa nwunye ya na ọ lọtala ọrụ bụ akụkọ Ugonna. Ihu atọghịzi Chukwumaara ochị chaa chaa. Ihe Ugonna kọọrọ ya wutere ya nke ukwu. Naanị n'aka ka ọ na-agba. Ka ọ kọchaara nwunye ya akụkọ banyere

Ugonna, nwataakwụkwọ ya, nwunye ya were sị ya, “Ya ewutezila gị. Ihe na-eme n’ụwa a! Mmegbu na mkpagbu jupụtara n’ụwa a anyị nọ n’ime ya. Gbasaa ihu gị. Ọtụtụ ndị mmadụ bụ arụrụala na-eto ha afọ. Di mụ, ka mụ gwa gị eziokwu, ụmuaka ndị nne ha na nna ha nọ ndụ amaghị ihe ọma Chukwu mere ha. Akụkọ nwata ahụ bụ Ugonna kọọrọ gị dị obere n’ihe a na-ahụ n’ebe ụmụaka ụfọdụ na-agba odibo nọ. Ọtụtụ n’ime ụmụaka ahụ ị na-ahụ, ha na ndị mmadụ bicha, na-eri anụ onwe ha n’ọnụ. Ụfọdụ ndị ha na ha bi na-aka akwanyere anụọhịa ugwu karịa ụmụaka ndị ahụ. N’ezie, ha na-eji ha ehicha ike. Naanị maka na ha enweghị mmadụ. O nweghị onye ga-ekwuru ha. Di m, ka mụ gwa gị, afọ jọrọ ndị mmadụ njọ. Ọtụtụ ndi mmadụ ka ọ ga-abụ ị hụ, ha eburu ntuntu ugbọala, kee ekike na-apụ uzu, chọọ mma na-ese okwu, na-agaghari.

Gbachịkwa ha nkịtị. Ọ bụghịkwa otu ahụ ha dị n'ìhè ka ha dị n'ime ha. Ime ha dịcha ka ebe a na-ekpofu ahịhịa. Ọtụtụ n'ime ụmụaka nọ na klaasị gi bicha n'ụlọ nga. Ndị nọ na nga kacha ha mma n'ụlọ ebe ha bicha. Ndị ha bi na nke ha enweghị ihe ha ji ụmuaka ndị ahụ, kpọrọ. Ihe i jiri mata maka Ugonna bụ maka na egwu kwere ya ọ bịa kọọrọ gi ihe ọ na-agabiga n'ebe o bi. Ka mụ gwa gi eziokwu, ọtụtụ n'ime ha dịchakwa ka Ugonna. Egwu ekwebeghị ha mepeere gi ọnụ. Ha mepeere gi ọnụ, i mata na ụwa a bụ **'ọ mara mma n'elu, koro ebu n'ime."** N'ezie, abụ m nwaanyi, mana aga m ekwu eziokwu. Udiri agwa ọjọọ ọtụtụ ụmụnwaanyị na-akpaso ụmụaka, ụmụnwaanyi ndị ọzọ mụtara, ha na ha bi, jọgbụrụ onwe ya na njọ. Ha na-eme ụmụaka ndị ahụ ka ohu. Mgbe ụfọdụ, ohu akara ụmụaka ndị ahụ nwee ugwu. Ọtụtụ ụmụaka n'ime

ụmụaka niile ahụ nọ n'ụlọakwụkwọ unu bụ ndị nọ n'ọnọdụ ahụ Ugonna hụrụ onwe ya. Ọ burụkwanụ na a chọwa, a ga-ahụkwa ndị Ugonna ka mma. Ihe Chukwu ga-ekpe n'ikpe kariri akarị. Di m ọma, ka anyị hapụ ihe a, kọọ maka ihe ọzọ. Ọ bụ ka ụwa dị!"

Maltezịa ụbọchị ahụ gawa n'ihu, ọ na-adị ka e siri n'ọkụ tupu Maazi Chukwumaara apịa nwataakwụkwọ na-abịa akwụkwọ ehihie nọ na klaasị ya ụtarị n'ihi abịaghị akwụkwọ n'oge. Ọ nweghịkwa onye ọ na-akọkwa ọnụ dịka o sibu eme ha na mbụ. Ọ kwụsịkwara ịta ha ahụhụ ma ọ burụ na ọ chọpụtaghị ihe kpatara ha jiri daa iwu ụlọakwụkwọ. Ihe Maazi Chukwumaara kachazi eme ugbua bụ idi na-enye ha ndụmọdụ banyere ụwa na kwa okwu igba ume. Ọ gwakwara ụmụakwụkwọ ya na o nwee onye ọbụla n'ime ha nwere ihe na-

esogbu ya, onye ahụ atụla ujọ ibịa gwa ya. Na o nwee otu ọ ga-esi nyere onye ahụ aka, na o ga-enyere ya. Umụakwụkwọ ya nabatara ihe ọ gwara ha ma werekwa Maazị Chukwumaara dị ka nna ha. Ugonna na-agakwukwa ya mgbe niile, na-akọrọ ya ka ihe siri dị n'ebe o bi.

N'ihi ọnọdụ Ugonna hụrụ onwe ya, o na-eme ya o naghị emesa ahụ n'ụlọakwụkwọ. Ọ na-anọ nwayọọ mgbe niile. Ọ kwa ihe diri okuko mma, o tụchawa onwe ya. Mgbe ọbụla, umụakwụkwọ na-egwuri egwu n'ụlọakwụkwọ, Ugonna agaa n'otu akụkụ nọdụ were na-eche maka ụwa ya. Mgbe ụfọdụ ka ụra na-eburu ya n'ebe ọ nọ, nke na o naghị ama mgbe ibe ya bachara na klaasị, malitekwa gụwa akwụkwọ. Anyammiri na-eju ya anya mgbe niile. Naanị ariri jupụtara ya

n'obi. Ụwa anaghịzi atọ ya ụtọ. Ọ nọdụ n'ụlọakwụkwọ, ọ na-echetakwa ihe chebidoro ya n'ụlọ ma ha gbasaa akwụkwọ na mgbede abalị. Ezumike adịghịrị Ugonna.

Ndị Igbo sị na ọ bụ otu onye dị ka ihe ga-amata ya ga-adị. N'ihi na ọ na-abụ anụ obụla pụta, ọ kpaa n'ọwarị ya. Maka na ọ bụ onye puta, ọ chọwa ***'ọdị ka ọ dị ya'.*** Ugonna enweela enyi nwoke,. Aha enyi ya nwoke ahụ bụ Ogụnna. Ebe izizi Ugonna na Ogụnna hụrụ onwe ha bụ n'ahịa mbughari. Okporoụzọ obụla Ugonna tinyere isi, ọ hụ Ogụnna. Ngwugwu mmiri naịra iri, naịra iri ahụ, Ugonna na-ere ka Ogụnna na-erekwa. Mana mgbe ụfọdụ, Ogụnna eburu oroma maọbụ mango. Ogụnna hụ ebe Ugonna na-ezu ike, ọ sonyere ya ebe ahụ. Akụkọ onye obụla n'etiti ha abụọ korọ, na-adaba na nke ibe ya. Ihe

ha abụọ na-akọrọ onwe ha banyere ọnọdụ ha n'ebe ha na-agba odibo na-abụ otu. O nweghị nke na-adị iche. Ihe dị otu a mere ka ha abụọ bụrụzịa nnu na mmanụ.

Ọgụnna bu Ugonna ụzọ bịa Owere. Ọ bụ onye Okwuebu. Ya na Ọnwụekwe si otu obodo. O nweghị ọwarị dị n'Owere Ọgụnna amaghị maka ya. Ọ bụ Ọgụnna mere ka Ugonna mata ebe dị iche iche ọ maghị n'ala Owere. Ọ bụkwa n'ụlọakwụkwọ ahụ Ugonna na-agụ ka Ọgụnna na-agụ. Ọgụnna bukwa Ugonna ụzọ malite igụ akwụkwọ n'ebe ahụ. Ọgụnna nọkwu na praịmarị nke anọ mana ọ bụghị n'otu klaasị ka ya na Ugonna nọ. Ọ bụrụ na a pụọ obere ezumike n'ụlọakwụkwọ ahụ, ọ bụ ha abụọ na-anọ were na-akpakọrịta maka ọnọdụ ha. Nke ọbụla e mere onye ọbụla n'ime ha abụọ, ọ kọọrọ ibe ya.

Otu ụbọchị ha bịara akwụkwọ, Ugonna were gwa Ọgụnna ka o chere ya ma a gbasaa akwụkwọ na o nwere ihe ọ ga-akọrọ ya e mere ya ọhụrụ. Ugonna sị Ọgụnna na akụkọ nke ahụ abụghị nke ha ga-akọ n'ụlọakwụkwọ. Na ọ bụ ha lawa, ha akọrọ ya were na-ala. Ozigbo akwụkwọ gbasara, ha abụọ yiri lawa. Ugonna were sị Ọgụnna, "Ị hụ ihe nnemukwu tiri m ụnyahụ maka naịra iriise ahụ m kọọrọ gị na mụ tufuru, i meere mụ ebere. Ọ chọrọ iji aka tigbuo m. O nweghị ihe o jighị ọnụ ya gwa m. Ọ dịghị ụdịrị ọnụ o kọghị m. O kweghị na mụ ga-eri nri abalị ụnyahụ ahụ. O sị na ọ bụ ego ahụ m tufuru ka mụ ga-eri. N'ụtụtụ a, ọ bụkwa sọ mba ka ọ na-abara m. Aga m alarịrị be anyị! Ọgụnna, ike agwụla m. Ọgụnna were sị Ugonna, "Ndo! Ihe ndị a ga-emecha bụrụ akụkọ n'ikpeazụ. Ọgụnna mechaa sị Ugonna legodu ya anya. O kpoliere Ugonna akwa o yi n'ahụ, elu. O jụọ Ugonna ma



ọ dị ihe ọ hụrụ. Ugonna tie mkpu were sị ya “Eee!” Ogụnna were sị Ugonna, “Ọ kwa ị hụla ka ahụ m dị. Ahụ m ọ dịzi ka nke mmadụ. Ahụ m niile ọnya ọnya, àpà àpà, akpụrụkpụ akpụrụkpụ, ụfụ ụfụ. Ugonna, nke m bụ kwa ụtụtụ, kwa ube ụtarị, kwa ehihie, kwa ube ụra. Kw abalị, kwa ịkọ m ọnụ na ndị be anyị na-anwụcha na agụụ. Ugonna, enweghị m ọnụ okwu! Ike agwụkwuola m. Ọ teela ịla be anyị jiri dịrị m n’uche. E mechaa ka anyị tụọ aro mara ihe anyị ga-eme. I nụla ya!!!”

Ugonna kwe ya n’ihe o kwuru. Ha were ọsọọsọ buru akpa akwụkwọ ha laghachikwa ebe ha bicha, were na-agba odibo, ka mmiri erughị eru ghara ịma ha!

## Isi Nke Isii

## UGONNA ERIELA MBỌMBỌ ỌSỌ

Chukwu, I hapụrụ m?
Chineke Nna, kedụzi ebe I nọ?
Aga m akọrọ ya nne !

Ihe niile i mere m
Ahụhụ niile ị tara m
Nghọgbu niile i ghọgburu m
Aga m akọrọ ya nne!!

Okwu ọjọọ niile i gwara m
Ọnụ niile ị kọrọ m
Aga m akọrọ ya nne!!!

Legodu
Ọ kwa maka na anyị dara ogbenye
Ọ bụkwa maka ahụhụ juru na be anyị
Ka nwata dị ka m ji ahụsi anya
Aga m akọrọ ya nne!!!!

Nna m, kedụ ihe i jiri hapụ anyị, nwụọ
Ma mụ, ma nne m, ma ụmụnne m
Anyị niile nọ n'anyammiri
N'ihi ọnọdụ, ọnwụ gị dowere anyị.
Ndị mụ bi na be ha ji m ehicha ala.
Aga m akịri ya nne m!!!!!

Ihe ọ masịrị gị mewe m
Mmegbu niile ị na-emegbu m
Aka ọjọọ niile ị na-akpa m
Aga m akọrọ ya nne!!!!!!

Okwu ọjọọ niile ị na-agwa m
Ihe ọjọọ niile ị ga-eme
Aga m akọriri ya nne!!!!!!!

Nke a bụ egwu akwa ariri Ugonna na-agụzi mgbe ọbụla o bu akwa akwụkwọ ya aga akwụkwọ, maọbụ mgbe o bu

akpa akwụkwọ ya alọta akwụkwọ. Anyammiri anaghịzi akọ ya n'anya mgbe niile. Akwa ọ na-ebe bụ maka ọnọdụ a jọgburu onwe ya ọ hụrụ onwe ya na ya n'ebe a kpọtara ya maka igba odibo. Oge niile ka Ugonna na-eche maka ụdịrị ụwa a ọ nọ n'ime ya. O na-ajụ onwe ya ma ọ bụ otu a ka ụmụaka niile a ọ hụrụ na-enughari so were na-ata ahụhụ ụwa. Anyammiri anaghịzi akọ Ugonna n'anya kwa mgbe ọbụla.

Ugbua, ka Ugonna chọputara na mgbe ọ nọ na be ha, na ọ bụ osikapa ka ọ na-eri. Na ahụhụ nwere nke na-aka ibe ya. O mabughị na ụwa dị abụọ tutu ruo mgbe a kpọgotara ya Owere. Mgbe ọ nọ n'ime obodo na be ha ka ọ na-eche na obodo mepere emepe bụ alaeze. Na onye ọbụla tinyere isi na ya ga-eso ibe ya rachawa ụtụ. Mana ugbua, ọ chọputala na ihe niile na-egbuke egbuke abụghị ọlaedo. Ọ bụghị ụdịrị ihe Ugonna chere na ọ ga-

ahụ ma ọ gbagote Owere ka ọ hụrụ. Ihe niile ghasara aghasa n'anya ya. Ugonna na-ahụtazi obodo mepere emepe dị ka obodo ahụhụ jupụtara n'ime ya. Ọ naghị adị ya ka o nwere ihe ụtọ ọbụla dị n'ime ya. Ndị mmadụ niile ọ na-ahụzi n'ebe ahụ na-adịchazi ya ka ndị 'mere mere n'ihu, gwọmpiti n'azụ' Ọ hụzịa ndị nne na ndị nna, ọ kwụpụ n'akụkụ were na-ele ha, chee na ọ bụ otu Ọnwụekwe na Ijemma di, ka ha niile dịcha. Ujọ onye ọbụla na-atụzi ya, n'ihi na agbaala ya ka ańụ n'ezinaụlọ o hụrụ onwe ya n'Owere.

Mkpa Ugonna ugbua bụ ụla. Itinye isi n'Udumọka be nna ya nke taa, nke echi! Ọ bụrụ na ọ nọrọ gawa, ọ hụrụ gawa. O baghị uru igbu mbekwu were dobe ya ọra maka na a maara na ndị nze na ọzọ agaghị eso rie ya. Echiche Ugonna niile bụzi Udumọka! Anya niile ọ na-ele bụ anya nwata ji achọ ụzọ o si agbala be

ha. Ọ naghịzi ekwu okwu bara bara. E kwuo elu, kwuo ala, ọ naghị atụpụrụ ndị ha na ya bi, ọnụ. Ọ sị na okwu ya niile ga-adịbazi n'Udumọka. Na ya enweghịzi ọnụ okwu n'Owere. Na ebe ugwu na nsọpụrụ na ọnụ okwu ka ga-adịrị ya bụ n'Udumọka! Ugonna nọkata, ọ sị, "Mụ bụ Ugonna Mmadụforọ inọtu n'Owere, ooloo!! Chukwu ekwekwala! Ma na ndụ , ma n'ozu, ajụrụ m ajụ! Mụ na ezinaụlọ Onwụekwe ibiri gawa, Mba a a!!! Chineke ekwela ka o mee! Mụ na Ijemma, nwunye Onwụekwe, inọrọ gawa n'ihu, tụfịakwa!!! Chukwu jụrụ ya ajụ. Ọ gaghị ekwe omume!!! Chi m ekwela!!! Obi m apụọla n'Owere. N'Udumọka ka obi m nọzi ugbua were na-eku ume, were na-eche m ka mụ bata. Chukwu, biko bịa ka I hichaa m anyammiri!!!

N'ezie, Ugonna akwadola mmụọ ya nke ọma ịlakwuru ndị be ha n'Udumọka.

Mana ụla ya nwere ọgbatauhie. Gịnị bụ ya bụ ọgbatauhie? Ugonna amaghị ụzọ ọ ga-esi laa Udumọka!! Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na o nweghị ego ọ ga-eji gbaa ugbọala. Mana Ugonna kwenyesịrị ike na otu anya adịla na a ga-elerịrị ya ele. Ugonna echeela ugboro ugboro otu ya bụ ije ga-esi kwee ọgụga, o dịghị ihe o chetara. O were kwuo na ọ bụ o ruo n'ụlọakwụkwọ ka ya na Ọgụnna tụkọọ isi ọnụ were mara otu a ga-esi kwọọ onye ukwu wara.

Ozigbo Ugonna bịara akwụkwọ, o kpọọ Ọgụnna wee gbaara ya izu na ha ga-ahụ n'oge ezumike ha n'ụlọakwụkwọ. Na o nwere ezigbo ihe dị mkpa ha ga-eleba anya. Ọgụnna kwee ya n'isi. Ka oge ruru, Ugonna na Ọgụnna yiri gawa ebe ha na-ezo ma ha chọọ itụkọrịta aro ọnụ banyere ọnọdụ onwe ha. Ka ha ruru ebe ahụ nọdụ ala, Ugonna jụọ Ọgụnna, "Ọgụnna, ịla be unu ọ dịzikwa gị mkpa?

Ọ dị ka ị naghịzi emeghari ahụ gbasara ya. Ọ dị ka ị ka chọrọ ịnọ obodo a" Ogụnna were sị Ugonna, "Ugonna, gbụfuo asọ! Nọrọkwa obodo a nke gị!!! Ihe ị ka ji were na-ahụ m bụ maka na mụ ahụbeghị ego mụ ga-eji tọrọ ụdọ" Ugonna malite chịwa ọchị. Ogụnna were sị Ugonna ma ọ bụ ihe ndị a bụ ihe ndị ahụ dị mkpa ọ chọrọ ka ha abụọ tụọ aro banyere? Ugonna mechaa sị Ogụnna, "Taata, ka anyị ga-akapịa ihe niile ọnụ. Ihe ọbụla anyị kwutere taa, anyị amalite mewe ya ozigbo".

Tupu Ugonna na Ogụnna esi ebe ahụ ha nọ kulie laghachikwa na klaasị ha, ha abụọ kwekọrịtara ebe ha ga-ahụ onwe ha echi n'oge ụtụtụ ma ha buru ngwahịa ha na-ere, pụta. Na ha abụọ ga-ayịrị ga chọta ọdụ ugbọala, ebe ugbọala ndị na-ala obodo ha na-anọgasị, na kwa ego ole ha na-ana. Ha kwetakwara na ọ bụrụ na ha ruo ebe ahụ jụchaa ase ha chọrọ ịjụ,



***be ahụ nọdụ ala, Ugonna jụọ Ogụnna, "Ogụnna, ịla be unu ọ***

***pa?*** Ugonna gwara nne ya ka ọ kwụsị ibe akwa n'ọpụpụ ya, n'ihi na ọpụpụ ọ na-apụ ga-ebelata

na ha ga-ejikwa ohere ahụ rechapụ ngwaahịa ha bu.

Mana aro kacha were pụọ anwụrụọkụ n’aro ndị ha tụpụtara bụ arọ ha tụpụtara maka ụbọchị ha ga-ala na kwa otu ha ga-esi nweta ego ha ga-eji gbaa ụgbọala. Ha kwekọrịtara n’etiti onwe ha na ọ bụ e mee ngwangwa e meghara ọdachi. Na ọ bụrụ na ha gaa echi jụtachaa maka ụgbọala ha ga-eso, nwanne echi ha atọrọ ụdọ. Na ha ga-ebu ngwaahịa nnukwu pụta nwanne echi ahụ. Na ha ga-agba mbọ zụsie ahịa ike ma ree ahịa nnukwu ụbọchị ahụ. Na Chukwu ga-anọnyere ha. Na ọ bụ ego ha zụpụtara ụbọchị ahụ ka ha ga-eji gbaa ụgbọala lawa n’obodo ha n’otu n’otu. Aro a ha tụpụtara kacha aro ndị ọzọ tọọ ha ụtọ nke ukwu. Ha nara onwe ha aka nke ọma ijiri gosi na ha ji obi ọcha nabata aro ọma ha ahụ, n’ihi na e jighi okụ aga n’ehihie.

Ogụnna mechaa kpọọ Ugonna were si ya, "Ugonna dịkwa njikere! Ugo eberela na mgbagbu!! Ọ gafee nwanne echi, ị gaghịzịkwa ahụ m n'Owere a!!! Onye ọbụla anụkwala maka nkata a anyị kpara. Nwanne echi ahụ, ozigbo ndị anyị na ha bi pụchara, anyị emee ngwangwa buru ngwaahịa anyị ga-ere, pụta. Anyị ga-ere ahịa anyị bu ọsọọsọ, laghachikwa n'ụlọ ha, ga buru akpa anyị, chọrọ ụzọ be nna anyị lawa. Ugoo! Amaghị m ma ohere a ọ ga-adịzịkwa mụ na gị isi otu a nọkọkwaa ọzọ n'ala Owere a. Mana otu o sila dị, mgbe ọbụla ị laruru na be unu, ị deere m akwụkwọ. Lee adreesị m n'obodo m. Ị ga-enyekwu m adreesị nke gị. Ugoo!, Chukwu ga-anọnyere anyị. Ọ ga-adịcha mma."

Ugonna were adreesị nke o ji anata leta n'obodo ha nye Ogụnna. Ọ kpọọ Ogụnna were si ya "Ogụ! Chukwu

wekọtara mụ na gi abụọ onụ agaghị ekwe ka anyị gbasaa. Chukwu maara maka mmata mụ na gi matara onwe anyị! Naanị Chukwu ga-akọwa ihe anyị ga-abụ echi. Gbaa mbọ detara m leta ma ị laruo. Tupu ha kulie, ha makụrụ onwe ha. Anyammiri jukwara ha anya. Mana ha chetaara onwe ha na ha bụkwa nwoke. Ha were nwayọọ hichachaa anya ha, were banyekwa na klaasị ha n'otu n'otu.

Ka chi foro, Ugonna na Ogunna mere ka siri kwuo. Ha nwere obi aṅụrị na atụmatụ ha gara werewere dị ka ha siri chee. O ruo nwanne echi, ha abụọ gosipụta na nkata ha kpara aghọrọla nguga. Ha zụchara ahịa ha osọọsọ n'ụbọchi ahụ dị ka atụmatụ ha siri dị. Ha jirikwa osọọsọ ga bulaa ihe ndị ha jiri zụọ ahịa ụbọchi ahụ tupu ndị nwe ụlọ abata. Ha yinyechaa akwa akwụkwọ ha ijiri ghọgbuo ndị mmadụ na ọ bụ

akwụkwọ ka ha na-aga n'ehihie ahụ. Ha jikwa akpa akwụkwọ ha were chịnyechaa akwa ha. Ha mere nke a ka a ghara ịchọpụta na ọsọ na-achụ ha. Ihe ndị a socha n'ihe ha tụpụtara n'aro.

Ugonna na Ọgụnna zutekwara onwe ha n'ọdụ ụgbọala n'otu oge n'ihi na ha achọghị ka o nwee ihe ọbụla ga-egbochi ụla ha. Ha dowechakwara ọtụgwọ ụlọ ha ebe ha na-edowe ha ma ha ga-apụ maka ibugharị ahịa. Ha abụọ kelere onwe ha nke ukwu ma makụọkwa onwe ha tupu ha rikpuchaa n'ụgbọala na-aga obodo ha n'otu n'otu. Ha banyechara n'azụ oche ga zochaa, were na-eche ka ụgbọala ha banyere n'otu n'otu, ju. Naanị ekpere ka ha nọ na-ekpe n'ime ụgbọala ndị ahụ ka ndị maara ha ghara ịhụ ha. Ha kpudochakwara ihu ha n'ala n'ime ụgbọala ndị ahụ ha nọcha, ka ihu ha na ihu ndị ha maara ghara ịjekọọ.

N’ezie, Chukwu nwogbenye anaghị arahụ ụra. Chukwu zara ekpere ha. Nwantakịrị oge, ugbọala abụọ ahụ ha banyechara n’ime ha ju n’ọnụ were kwado opupu. Ọ dị Ugonna na Ogụnna ka ọ bụbeghị eziokwu. Ugbọala bu ụzọ were nupụ ije bụ ugbọala nke Ogụnna nọ n’ime ya. Ogụnna were obi ụtọ ahụbeghị atụ ya mbụ feere Ugonna aka. Ugonna feghachiri ya aka. Ugbọala ahụ tinye isi n’ụzọ Okwụebu.

Mana opupu ahụ ugbọala Ugonna nọ n’ime ya apụbeghị nọ na-ewute Ugonna. Ugonna nọrọ n’ime ya kpọnwụọ ka achịcha. Ọ na-arịọ Chukwu ma na-arịọsi Ya ike ka mmiri ghara ịtabido ya. Ogụnna nọkwa n’ụzọ ụla ya, n’ime ugbọala ahụ ọ nọ, na-eche maka Ugonna. Ọ nọkwa n’ime ugbọala ahụ na-ekpe ekpere ma na-ekpesi ike ka anyụ miara nwaanyị mịkwuoro nwunye di ya. Nwantakịrị oge, ka onye na-anata

ego njem natachara ndị nọ n’ime ụgbọala ahụ Ugonna nọ n’ime ya ego, onye na-akwọ ụgbọala ahụ ga were ọnọdụ ya. Onye na-eso ya, banye, mechie ụzọ ụgbọala ahụ. Ugonna hulata isi ya ala were rịọ Chukwu ka O mezuoro ya mkpa ya! N’otu ntabianya, ụgboala ahụ tinye isi n’ụzọ Udumọka. Ume ndụ were ọsọọsọ zuo Ugonna ahụ. Ugonna kutuo, dụọ akara nke obe, kelee Chukwu ma rịọ ya ka o dularuo ya n’udo.

## Isi Nke Asaa

## IWE DỊ UGONNA N'OBI

"Ama m na ọ bụ ihe ga-eme! Ama m na ọ bụ otu ahụ ka ọ ga-adị!!! Ndị mmadụ ahụghị ibe ha n'anya n'ụwa a!!! Ọ bụ ya kpatara m jighị choo ikpọnye onye ọbụla nwa m ka ha abụọ biri. Ihe ahụ mụ na-agbara ọsọ emeela! Ọ bụ otu ụwa a dị!! onye ọbụla chọrọ ịnọ n'elu. O nweghị onye chọrọ ịnọ n'ala. Obere ohere onye ọbụla nọ n'ụwa a nwetara, o were ya zọdo mmadụ ibe ya ọkpa n'isi. Onye kpọrọ nwa mmadụ, ha abụọ ga-ebi ka o nyebere ya aka, o were ya mere nkịrịnka akwa e ji ehicha ụlọ. Mana onye ọbụla na-ahụta nwa mmadụ a kpọnyere ya ka ikpoahịhịa matakwa na mgbe ụfọdụ, na ebe ahụ a na-ekpofu ahịhịa na-abụ ebe a na-arụ ọmaricha ụlọ. Chukwu anaghị arahụ ụra! Chineke mụ anya mgbe niile!! Ihe niile ahụ ha

mere Ugonna bụ ihe ka ha kuziere ya. Ọ bụrụ na ha amaghị, ka ha mara ya ugbua!!!

Ihe ndị a bụ ihe si Ihudiya n'ọnụ na-apụ mgbe Ugonna gbaara ọsọ ndụ bata na be ha. Ọnọdụ Ugonna na kwa ihe ọ kọọrọ nne ya banyere ije ya n'Owere gbara nne ya anyammiri nke ukwu. Ihudiya bere akwa arịrị dị egwu ka o lechara Ugonna anya otu ọ dị. Nke a mere ya ka o chee ihu, ma chee azụ banyere ọnọdụ ya na ezinaụlọ ya n'ụwa a. Naanị ibe akwa ka Ihudiya rụrụ ụbọchị ahụ Ugonna kwaara ngwongwo ya lọghachi na be nne ya na nna ya n'Udumọka. Ihudiya na-ebe akwa, ọ na-eti aka n'obi, na mmadụ ibe ya arịala ya elu kpara nkụ. Ihudiya na-ebe, ọ na-ebe na nwaanyị ibe ya esurula ya mmanụ n'isi. Akwa obi mwute! Akwa arịeị!! Ugonna, a na-ebe, na-efe isi ya kpakakpaka maka

ihe e mere ya n’Owere. Ụmụnnne Ugonna ndị a kpọpụbeghị, a na-ebe, na-arịọ Chukwu ka o doziere ha ọnọdụ ha, n’ihi na ọ bụ ọnọdụ ọjọọ ha hụrụ onwe ha n’ime ya buteere ha nhusianya. Ma nne, ma ụmụ, o nweghị onye na-eji ibe ya. Onye na-ebe, ibe ya ana-ebe. Akwa nhụsianya!!! Akwa obi mgbọwa!!!!

Ọ na-abụ ọgụ karịa ọgụ, onye a gbajiri aka asị onye a gbajiri ọkpa, ndo. Mgbe Ugonna na ụmụnne ya chọpụtara na obi chọrọ igbọwa nne ha, ha malite jiwe nne ha ka ọ kwụsị ibe akwa. Ha na-eji nne ha, nne ha anaghị ekwe njite. Ha were gwa nne ha na ọ bụrụ na ọ choghị imechi ọnụ, ha ahapụrụ ya ụlọ pụwa, ka naanị ya nọdụzịa bewe akwa. Ihudiya mechara kwụsị ibe akwa mgbe ọ chọpụtara na ụmụ ya akpụghị mmiri n’ọnụ were na-agwa ya okwu ahụ. Mana ndị Igbo sị na ka ọnya lara, na àpà

ya alaghị. Ọ bụ eziokwu na iwe ihe e mere Ugonna dị Ugonna na ụmụnne ya n'obi. Mana iwe nke dị nne ha n'obi kacha nke dị ha n'obi. Mana ọ ga-adị mma ka anyị cheta na ibọ ọbọ bụ Chukwu ka ọ diiri.

Ka Ihudiya na ụmụ ya nọ n'Udumọka na-eche ihe ha na Ọnwụekwe na nwunye ya ga-eje ka Ọnwụekwe na Ijemma nwunye ya nọ n'Owere na-eche ihe ha na Ugonna ga-eje.

Ọ nwebeghị ubọchị gbara Ọnwụekwe na Ijemma gharịị, ka ubọchị ahụ Ugonna hapụụrụ ha ulọ, gbalaa na be ha n'Udumọka. Ha jechara ọrụ lọta ubọchị ahụ, ha ahụghị Ugonna. Ha enyeghị nsogbu ọbụla n'ihi na ha chere na ọ bụ akwụkwọ ka ọ gara, na ọ ga-alọta n'oge mgbede, ma ha gbasaa akwụkwọ. Ijemma nọkwa na-agbakọ ego ole

Ugonna ga-akwụnye ya ma ọ lọta akwụkwọ na mgbede abalị ụbọchị ahụ. Ka oge Ugonna ji alọta akwụkwọ ruru, ọ dịghị onye hụrụ Ugonna. Onwụekwe gwa nwunye ya ka ha nwekwuo ndidi, tụọ anya ya na o nwere ike ọ bụrụ na o nwere ihe ha na-eme n'ụloakwụkwọ. Ha tụrụ anya Ugonna, tụọ anya ya, Ugonna alọtaghị. Umụaka ibe ya, ndị ha na ya na-ejekọ akwụkwọ ehihie alọtachaala, mana Ugonna alọtaghị. Chi na-eji n'ike n'ike. Onwụekwe na Ijemma malite chọghariwa Ugonna. Onwụekwe gwara nwunye ya ka ọ gaa na nke otu ezinaụlọ ha maara na nwa ha na ya bi, na-agakwa akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ Ugonna ha, ga jụọ ya ma ọ hụkwara Ugonna n'ụlọakwụkwọ ụbọchị ahụ. Onwụekwe n'onwe ya gawakwara n'ụloakwụkwọ Ugonna ha n'abalị ahụ ịmata ma o nwere ihe ji ya ịlọtanụ.

Ka Ijemma na-aga ozi e ziri ya ka ọ na-aba mba ihe ọ ga-eme Ugonna ma o nweta ya n'abalị ahụ. Ọ maghị na Ugonna nọ n'Udumọka na-aba ihe ọ ga-eme ya bụ Ijemma ma ọ hụ ya anya n'Udumọka. Ihe kacha dị Ọwnụekwe mkpa, na kwa ekpere ya niile bụ ịhụ Ugonna anya. Ka ọ ghara inwe ihe ọbụla ga-eme Ugonna n'ihi na ike okwu na ụka adighị ya. Na ya amaghị otu e si ekpe na kwa ka e si asa aka.

Oge Ọnwụekwe batara n'ụloakwụkwọ Ugonna ha, o nweghị onye ọbụla ọ hụrụ. Ebe niile dara owu. Ma otu mkpụrụ mmadụ anọghịzi n'ụlọakwụkwọ ahụ. A kpọchichara ebe niile akpọchi. Ọnwụekwe kwụgharịchaa, laghachikwa na be ya. Tupu ọ na-alọta, ọ bụrụ na nwunye ya abatala were na-aba ihe ọ ga-eme Ugonna ma o jechaa bata. Di ya gwa ya

na ihe kacha mkpa ugbua bụ ịhụ Ugonna anya wee mara ihe bụ isiokwu n'ihi na Ugonna akpabeghị ụdịrị agwa ahụ kemgbe ha nay a jiri biri. Ọnwụekwe jụrụ nwunye ya otu o siri gaa ozi o ziri ya. Ijemma gwa ya na nwata ahụ sịrị na ọ hụghị Ugonna anya n'ụlọakwụkwọ ha ụbọchị ahụ. Ike gwụ Ọnwụekwe! Ọnwụekwe ekwughị okwu. Ichi eruola n'ọdụ anya. O mechaa ọ sị nwunye ya, "I hụla ihe ahụ mụ na-agwa gị. Anyị amaghị ma o nwere ihe mere nwatakịrị a. Ihe kacha mkpa ugbua bụ ịchọta ya. Anyị hụzịa ya, o nwee ihe anyị ga-ekwu, anyị ekwuo. O bụ a hụ okwu, a hụ ọsụsa ya. Ka anyị kpewe ekpere ka ọ ghara inwe ihe ọbụla ga-eme ya" Ijemma kweta di ya n'ihe o kwuru.

Mgbe ahụ Ọnwụekwe na Ijemma pụrụ ịchọ Ugonna ka Emezie na ụmụnne ya

chọpụtara na akwa Ugonna niile na akpa akwụkwọ ya adịghị ya. Naanị ihe ha hụrụ bụ akwụkwọ Ugonna ji eje akwụkwọ, ndị nke ọ wụsara n'okpuru otu akwa dị n'ụlọ ha. Umụ Onwụekwe na Ijemma mekwara ka nne na nna ha mara maka ihe ha chọpụtara. Nchọpụta a meziri ka Onwụekwe na Ijemma kpebie na ha agaghị aga orụ echi. Na ihe ha ga-arụ echi bụ ịchọta ebe Ugonna nọ.

Onwụekwe na Ijemma nwunye ya kpebiri na ọ burụ na umụ ha gawa akwụkwọ echi, na Ijemma ga-aba ugbọala gawa na be Ugonna ha n'Udumọka, ka a mara ma ọ bụ ebe ahụ ka ọ nọ. Onwụekwe n'onwe ya ga-eje n'ogige ndị uwe ojii ọbụla dị nso n'ebe ha bi, gaa mee mkpesa na ha na-achọ nwatakịrị nwoke ha na ya bi, achọ. A chọwa ijide oke ehi, a chọwa oke

mmadụ. Nwunye ya nabatara atụmatụ ahụ nke ọma.

Ka chi foro, di na nwunye a malite mewe ka ha siri kwuo. Ijemma tinyere isi n'Udumọka, na be Ugonna ha. Ọnwụekwe chọrọ ogige ndị uwe ojii gawa.

Dị ka Ijemma na di ya siri tụpụta n'aro, Ijemma chooro Izuegbu gawa ozigbo ọ gbara ụkwụ n'Udumọka. Ka ọ kọchaara Izuegbu ihe o jiri maka ya bịawa Udumọka, Izuegbu kwado, ha abụọ gawa na be Ugonna ha. Ozigbo ha batara na be Ugonna ha, lekwa Ugonna na nne ya ebe ha nọ n'ezi na-apị ụkwa. Anya Ugonna hụrụ Ijemma chetaara ya ochie na ọhụrụ! Ugonna si ebe ọ nọ waliri, hapụ ụkwa ya na nne ya na-apị, tie were sị Ijemma, "Kedụ ihe ị bịara na be anyị ime? Ị makwa na ebe a abụghị

Owere? Si ebe a pụọ ugbua tupu ozu gị atọgbọrọ. Ajọ nwaanyị!! Ekwensu nwaanyị!!! Ọmara mma n'elu koro ebu n'ime. Izuegbu, biko si na be nna m kpọpụ nwaanyị a. Izuegbu, mee ngwangwa durukwa ekwensu a i dutara ebe a pụọ! Nne Emezie, ị bụ ekwensu!! Chukwu ga-akpọ gị ọkụ!!! Udele ga-eri ozu gị!!!! Ị kpachaghị anya, i nwụọ n'ala Udumọka a ị bịara. Were ọsọ si ebe a pụọ tupu e si Owere bịa buru ozu gị. Chere ka mụ bịa" Ugonna were ọsọ gbapụ, tinye isi n'azụ ụlọ be ha.

Naanị mkpu akwa ka Ihudiya na-eti, na-akpọku ndị Udumọka ka ha bịa soro ya hụrụ onye chọrọ igbu nwa ya ọ kpọnyere ya ka ha biri. N'otu ntabianya, ndị mmadụ gbakọjuo na mbaraezi Mmadụfọrọ. Egwu were dị. Ike gwụ Ijemma na Izuegbu. Ihudiya malitere were anyammiri na-ekpesara ndị

gbakọjuru na be di ya ihe Ugonna hụrụ n'aka Ijemma n'Owere. Ndị mmadụ malitere nawa Ijemma ogwugwu chịwa ya aja, na ago ya ọfọ na ọ gaghị adịrị ya na mma. Ka nke a na-aga n'ihu, Ugonna kporo okwute dakapụta, malite tụwa ya Ijemma. Ijemma na-eze okwute Ugonna ji were na-aghụ ya ahụ, okwute gba mbọ na-ezo ka mmiri n'ahụ Ijemma. N'ezie, ike dị n'aka n'aka. Oge Izuegbe hụrụ na okwu abụghịzi obere okwu, ọ bido rịọwa ndị be ha ka ha hapụ imetụ Ijemma aka. Na ọ nwee ihe ọbụla mere Ijemma na ndị uwe ojii ga-abịa kpụrụchaa ha niile.

Arịọrịọ niile ahụ Izuegbu na-arịọ ha anaghị aba Ugonna ntị. Ọ na-aga n'ihu na-atụ Ijemma okwute, Ijemma a na-eze onwe ya. Iwe dị Ugonna n'obi. Ka a hụrụ na Ugonna chọrọ iji iwe were mebie ihe, Izuegbu rịọ ndị be ha, ha ga

jide Ugonna were napụtachaa ya okwute ndị foro ya n'aka na ndị o fonyere n'akpa nịka ya. Izuegbu were ọsọ kpọrọ Ijemma, ha si na be Mmadụfọrọ were ọsọ gbapụ. Izuegbu duru Ijemma baa ụgbọala na-aga Owere ozigbo. Ha abụọ lawa Owere. Ihe Izuegbu jiri soro ya gawa Owere bụ ijiri hụ na Ijemma ji ndụ ya laruo Owere.



*ıkwa* *Ọ na-aga n'ihu na-atụ Ijemma okwute, Ijemma a na-eze*
*ı.*

## Isi Nke Asatọ

## IZUEGBU ARỊỌLA NDỊ BE UGONNA HA MGBAGHARA

Onwụekwe ejechaala na nke ndị uwe ojii, ha na ya sụọ banyere ọchịchọ ha na-achọ Ugonna. Ndị uwe ojii kwekwara ya nkwa na ha ga-enyere ha aka chọta Ugonna. Na ebe ọ bụ na ọ gbakwutere ha, na nsogbu ha alaala. Onwụekwe lọtara na be ya n'Owere were na-ajụ ndị agbataobi ya ma ha maara maka ije Ugonna n'ihi na ha na-achọ ya achọ. O nweghịkwa onye agbataobi ha nwere ike ịkọwa ma Ugonna o jere n'elu, ka o jere n'ala. Ọtụtụ n'ime ha na-eme Onwụekwe na Ijemma ntọọ, na ọ bụ ihe kwesịrị ha, n'ihi na ha ji Ugonna echicha ike na be ha.

O teela Ọnwụekwe na ụmụ ya ji were tụwa anya Ijemma. Anya tọrọ ha n'ezi. Ha chọrọ ịma ka o siri jee ma matakwa ma ọ bụ n'Udumọka ka Ugonna nọ. O nweghịzi onye obi ruru ala. Obi ko ha niile n'elu. Ekpere onye ọbụla na be Ọnwụekwe, ma obere ma nnukwu, bụ ịchọta Ugonna. Onye ọchịchọ a na-achọ Ugonna kacha were ruo n'ahụ bụ Emezie n'ihi na Ugonna ahụka ya n'anya. Ya na Ugonna adịka!

Ka Ọnwụekwe na ụmụ ya nọ na-eche maka ihe bịakwutere ha, Ijemma si Udumọka bata. Izuegbu sokwa ya were zọchie na be Ọnwụekwe n'Owere. Ihu adịghị Ijemma mma ma ọlị. Mkpụrụ anya ya abụọ charuchara acharu ka mmiri ideghi.

Anya di ya na ụmụ ya hụrụ ya gosiri ha na obi adịghị ya mma chaachaa. Ozigbo

Ijemma batachara n’ime ụlọ be ha n’Owere, ọ malite bewe akwa. Di ya jụọ ya ka o siri jee, ọ tụpụghịrị ya ọnụ. Naanị akwa ka ọ na-ebe. O bee bee, o buru onwe ya tie n’ala. Mgbe Ọnwụekwe na-ajụ ya n’esepụghị aka ma ọ hụrụ Ugonna, ọ bụ Izuegbu bụ onye gwara ya na Ugonna nọ na be ha n’Udumọa. Ọnwụekwe kutuo ozigbo. Ụmụ ha nwekwara obi ụtọ na a hụla Ugonna.

Mana Ijemma nọ na-etigbu onwe ya n’ala, na-ebe kwa ihe e mere ya. Mgbe izizi ka Ọnwụekwe na ụmụ ya chere na ọ bụ akwa ọńụ ka nne ha na-ebe. Mana ha mechara chọpụta na ọ bụ akwa obi mgbọwa ka Ijemma na-ebe. Ọnwụekwe na Izuegbu nọkwa na-eji ya ka ọ kwụsị akwa ma were ọnụ ya kwuo ihe bụ isiokwu. Mana akwa ya ekweghị ebi ebi. Naanị ihe ọ na-ebe n’akwa bụ, “Ihe

Ugonna mere m, ihe Ugonna mere m..!! Kedụ ka mụ ga-esi kọọ ya o o? Anwụchaala m n'Udumọka!!! Ha egbuchaala m n'Udumọka ma e wepụ Chukwu! Amaghị m ka mụ ga-esi kọwa ihe mụ hụrụ na be Ugonna ha n'Udumọka. Ugonna! Ugonna!! Ugonna!!!, amaghị m na nwata ahụ dị otu ahụ. Legodu ihe o ji okwute mee m n'ahụ! Unu si m kọọ ole, hapụ ole o o? Ugonna na ndị Udumọka egbuchaala m o o o!!! Ọ bụ Chukwu si mụ kpọrọ Izuegbu gawa na be Ugonna ha. Ọ bụrụ na Izuegbu esoghị m gaa ebe ahụ, kedụ ihe mụ gaara akọrọ chi m? Ahụrụ m ihe n'Udumọka. Chaị!, Ugonna!, nne Ugonna!!, ndị Udumọka!!!. Ihe ha mere m, ihe ha mere m!!!! Ihe ha mere m o o ….!!!!!"

Ọnwụekwe jụọ Izuegbu ma ihe a nwunye ya na-ebe n'akwa, ọ bụ ihe

mere eme? Izuegbu gwa ya ka o wetuo obi tutu ahụ ajụọ Ijemma oyi. Na ọ bụ Ijemma ga-akọrọ ya maka ozi o dunyere ya. Ụmụ ha nọkwa na-ele nne ha n'akwa ọ na-ebe. Ka ike ibe akwa gwụrụ Ijemma, o jiri nwayọọ kọọrọ di ya na ụmụ ya ihe ọ hụrụ n'Udumọka ọ gara. Onwụekwe were iwe nnukwu n'ihe nwunye ya kọọrọ ya. Ọ gwa Izuegbu na o ga-eji ndị uwe ojii gaa Udumọka ka kpụta ndị ahụ niile menyere nwunye ya egwu. Izuegbu dọọ ya aka na ntị ka o ghara ime nke ahụ.

Izuegbu si ya, "Anwakwala anwa mee nke ahụ. I mekata gaa Udumọka ugbua nyụọ nsị, ndị Udomọka ga-ekpo nsị ahụ ma kpokwasa ya n'isi gị n'ihi na anwụ ekeela a hụ ihe nte gburu. I tụọ okpa n'Udumọka ugbua mee pịm, ndị Udumọka apinyuo gị ka okụ n'ihi na ihe e mere atụrụ dị ebulu iwe. N'ezie, obi

adịghị ndị be anyị mma n'ebe gị na nwunye gị nọ. Ka mụ siri hụ ha, ị tụọ ọkpa n'Udumọka, ha ememilaa gị. Ha sịrị na gị na nwunye gị emegbuka Ugonna n'ihi na nna ya anwụọla, nne ya na-ata ahụhu. Naanị maka na o nweghị onye ga-ekwuru ya!! Ọ bụrụ na ị maghị, ị mara ya ugbua: Ha na-achọkwa ihe ha ga-eme gị na nwunye gị! Ọgụ a abụghịzịkwa nke unu na ndị be Ugonna ha. Ọ bụzịkwa nke unu na ndị Udumọka. Ọ bụ na ị maghị na ọ bụ mụ ka ha na-akpụzi n'ọnụ ugbua. Ha sịrị na mụ maara na unu abụghị ezigbo mmadụ, m were hapụ igwa ha. Ha na-ajụ ihe kpatara mụ jiri duru unu bịa kpọrọ Ugonna. Na unu kpọọrọ Ugonna ga chigbuo n'Owere. I kpọrọ ndị uwe ojii tụọ ọkpa n'Udumọka, ị mara na mụ agaghịkwa ahụ Udumọka anya ọzọ. Ha ga-achụpụ m! Nke a ga-eme ka mụ nọrọ na mba nwụfuo. Okwu ahụ adịghị mfe

ka i siri chee ya. Abakwala ya ime! Hapụ okwu ahụ ka ọ nwụọrọ onwe ya. Ị nụla ya!!! Mgbe ọbụla mụ laruru Udumọka, m na ha ekpeziwe. Aga m azọpụtanwu isi m n'ebubo ndị ahụ ha na-ebo m"

Okwu Izuegbu gwara Onwụekwe bara ya nti nke ọma maka na ijiji enweghi onye ndụmọdụ na-eso ozu ala n'ili. Ma Onwụekwe, ma nwunye ya bụ Ijemma na ụmụ ha kelekwara Izuegbu nke ọma na nghọta ya, na kwa ka o siri dulata Ijemma. Onwụekwe na Ijemma mechaa dupu Izuegbu, Ọ baa ugbọala laghachi Udumọka.

Ozigbo ugbọala kwụsiri Izuegbu, ọ gaa na be Ugonna ha. Izuegbu jụrụ Ugonna ihe kacha bụrụ iwe ya. Ugonna were nwayọọ kọọrọ Izuegbu ihe ọ hụrụ n'aka Onwụekwe na Ijemma n'Owere.

Izuegbu na-agba n’aka. Ọ rịọrọ Ugonna, nne Ugonna, na ụmụnne Ugonna ka ha gbaghara ya n’ihi na ọ maghị na ọ bụ otu ahụ ka Ọnwụekwe na nwunye ya dị. Ndị be Ugonna ha nabtakwara arịrịọ ya. Mana nne Ugonna gwara Izuegbu na o nweghị ihe ga-eme ka ọ kpọnyekwa mmadụ nwa ya ọbụla, ozọ. na ya na ụmụ ya ga-anọ, ihe ha hụrụ ha erie. Ha ahụghịkwanụ, ha eburu ọnụ. Na ọ bụ Chukwu na-azụ nwa. Ọ bụghị mmadụ!!!

## Isi Nke Itoolu

# UGONNA NA-AZỤZỊ ONWE YA N'ỤLỌAKWỤKWỌ N'UDUMỌKA

Ndị Igbo si na ọ bụ a gawa agawa a kọọrọ eze. A lawakwanụ alawa a kọọkwara eze. N'ihi na mgbaghapụ àmà bụ na ihe a hụrụ na a hụghizi ya. Ọnwụekwe mechara ga gwa ndị uwe ojii ka ha hapụzia ịchọ Ugonna n'ihi na ha ahụla ya. Ọ gwara ndị uwe ojii na Ugonna si be ya n'Owere gbapụ were gbalaa be nna ya n'Udumọka. Ndị uwe ojii nabatakwara azụ Ọnwụekwe tụnyere ha ma kelee ya nke ọma otu o siri mee ka ije beere ha nkenke.

Kwa mgbe ka Ọnwụekwe na-eche otu ọ ga-esi gosi Ugonna na ndị be ha, na ọ bụ mmadụ nwe ubi ahụ ha jere kpaa nkụ. Obi adịbeghi ya mma n'ihi agwa

ojọọ ahụ a kpasoro nwunye ya n'Udumọka, na be Ugonna ha. A sị na isi abụọ dị mma ka otu isi mma. Onwụekwe mechaa kpọọ nwunye ya bụ Ijemma were sị ya, "Ijemma, nwunye m, ị maara na mmadụ anaghị arị m elu ka ahụhụ ma rịtuokwa, m hapụ ya. N'ezie, Ugonna na ndị be ha rụnyekwara m aka n'anya. Ọ dịghị m ka m ga-agbachi ha nkịtị n'ihi na ọ bụ mmadụ nwe ogodo ewu tara. Ọ bụrụ na mụ gbachi ha nkịtị, ọ ga-adịzi ka mụ nabatara aka ojọọ ahụ ha biri gị n'ahụ na kwa omume ojọọ ahụ ha mesoro gị. Abụghịkwa m onye ewu na-ata igu n'isi. Ndị uwe ojii ga-anụriri olu mụ na ndị be Ugonna ha! Maka m gbachi ha nkịtị, ha nwekwara ike mee nke ka nke ahụ ha merela."

Ka Ijemma nụchara ihe dị ya kwuru, ọ kpọọ dị ya, "Onwuekwe, di m ọma,

anụla m ihe i kwuru, ma matakwuo ihe ị na-eche. Hapụ ihe ndị ahụ ị na-eche. Matakwa na ụwa a buru ibu karịa otu a anyị si ahụ ya. Achọrọ m ka anyị hapụ okwu niile gbasara Ugonna na ndị be ha ka ha were aka ha nwụọrọ onwe ha. Anyị ga-eji okwu ndụmọdụ na okwu idọ aka na ntị nke Izuegbu nyere anyị banyere okwu a, were mee ihe. Otu mụ siri hụ Ugonna na ndị be ha, n'ezie obi adighị ha mma, chaa chaa n'ebe anyị nọ. Ha hụ ohere ha ga-eji gbuo anyị, ha egbuo anyị. Nnụnụ ọbụla na-agba egwu n'okporouzọ, ihe na-akụrụ ya egwu nọ n'ime ọhịa. Matakwa na ndị obodo ha kwụ ha n'azụ nke ukwu. Achọrọ m ka mụ kwusie ya ike ka ọ baa gi ntị ugbua: O nweghị ndị uwe ojii anyị ga-akpọrọ ha. Anyị bụ ọkụkọ agaghị atụpụ ọnụ erugheru. Ka anyị hapụ ihe niile tara n'abalị ka ha bụrụ anwụnta. Ọ bụkwa ebe Izuegbu kwụ ka mụ kwụ n'ihi na ya bụ obinụulọ maara diọpara ọkụkọ. Ka

anyị baara okwunaụka ụlọ. Matakwa na anyị bụ ndị ọrụ bekee. Ọ bụrụ na i chefuru ya, echetarala m gị ya ugbua".

Okwu Ijemma gwara Onwụekwe di ya dị ka ehihie. Okwu ndị ahụ bakwara Onwụekwe ntị nke ọma. Okwu ọma anaghị enwe ọsụsa. Onwụekwe kwetakwra n'ihe nwunye ya gwra ya n'ihi na ijiji enweghị onye ndụmọdụ na-eso ozu ala n'ili. Maka na ọ bụ ka a hụtachaa ka mgbọ ji atụ enwe n'isi. Ọ bụ eziokwu na Onwụekwe akwụsịla iche otu ọ ga-esi buru ọgụ gaa na be Ugonna ha n'Udumọka, mana echiche banyere Ugonna na-esogharị ha. Mgbe niile ka Onwụekwe na Ijemma na-echeta n'uche ha ụdịrị mmegbu ha megburu Ugonna, na kwa ụdịrị agwa ọjọọ ha kpasoro ya n'Owere, mgbe ha na ya bi. Obi ha na-apịa ha ụtarị oge niile banyere nke ahụ n'ihi na ọrụ ọbụla nwere ụgwọ ya.

Onye a jụrụ anaghị ajụ onwe ya. Onye enweghị onye na-emere ya na-agba mbọ onwe ya. Maka na ọ bụ onye na-ekpe ekpere ka Chukwu na-aza ekpere ya. O bụkwa onye kọnyere ji n'ala na-enwe ji ọ ga-egwupụta n'oge owiwe ihe ubi. Ugonna malitere gbasiwe mbọ ike, chọsiwe ike otu ọ ga-si nyere onwe ya aka ka mmadụ ghara iji ya mere ihe ọchị n'oge ikpeazụ.

Ugonna malitekwara akwụkwọ ọzọ n'Udumọka. O bidoro na praịmarị nke anọ. Ya na nne ya kpebiri na ọ ga-agụghari ya bụ klaasị nke anọ n'ihi na ọ gba aka were si Owere lọta.

A bịa n'ụlọakwụkwọ Ugonna ha n'Udumọka, ndị ha na ya yiri chụọ oke na-achụzi nchi ugbua. Ibe ya nọzi na praịmarị nke ise, Ugonna na-agụnwokwa praịmarị nke anọ. Ọnọdụ a

anaghị ewute Ugonna ma ọlị n’ihi na ọ sị na ọ bụ ebe onye ọsọ gbaruru ka onye ije ga-ejeru. Na ihe a na-achọ n’ike ọkụ bụ azụ. Na ihe a na-ajụ na mgba bụ onye nwuderenụ.

Kemgbe Ugonna malitekwara igụ akwụkwọ na be ha bụ Udumọka, ọ bụ ya na-akwụrụ onwe ya ụgwọ akwụkwọ. Kedụ ebe o si enweta ego? Ugonna bụ nwatakịrị ike ọrụ dị. Nna ya bụ Mmadụfọrọ nwere ala nnukwu. Mmadụfọrọ nwekwuaziri erimaala di iche iche. Ma nkwụ, ma ụkwa, ma oroma, ma ube, ma akịbekee, ma ọkwụrụbekee, ma uguri, ma ukwu osisi ụdara, ha niile jupụtara n’ala Mmadụfọrọ. Ugonna kelere Chukwu na O nyere ha ụdịrị ihe ndị ahụ iji were na-eleta onwe ha anya.

Ugonna agbachaghị aka were si Owere lọta. O nwere otu ọkpụrụkpụ ihe o ji aka

were lọta Udumọka. Gịnị bụ ihe ahụ? Mgbereahịa!! Ịzụ ahịa na ire ahịa edoola Ugonna anya. Ọ mụtara ya nke ọma n'Owere. Mgbe ọbụla, Ugonna na-ebu ihe aga ahịa Udumọka ere. Ụbọchị o reghị akwụ, o ree ụkwa, maọbụ mango, maọbụ oroma, maọbụ ihe ọbụla nke o si n'ala ha weta. Erimaala niile ahụ ha nwere nwechara mgbe o ji amị, na kwa mgbe ha ji adị mma oriri. Nke oge ya ruru, Ugonna amalite ịtụ mgbere ya. Bido n'afọ ruo n'afọ, Ugonna anaghị ezu ike. Ya na mgbereahịa na-eme. Ego sikwa otu ahụ abata ya aka. Ego o retara, o were ya nye nne ya n'ihi na ọ bụ nne ha ka igbo mkpa ezinaụlọ ha dịịrị ugbua.

Ugonna kacha ndị be ha niile were chaa anya ma marakwa ihe dị n'ịzụ ahịa. Obodo mepere emepe o si were gbalata sokwa were ńụchaa ya. Mgbereahịa doro ya anya nke ukwu. Ego Ugonna na-enweta na-ezu iji kwụrụ ya na

ụmụnne ya ndị nke nọ n'ụlọakwụkwọ, ụgwọ akwụkwo, na kwa iji zụtara ha akwụkwọ ha ji agụ akwụkwọ, ma zuokwara ha iji were na-eriju afọ. Ego obụla maputara, Ihudiya na-edowe ya nke ọma iji were gboo mkpa ndị ọzọ na-adapụta n'ezinaụlọ.

Ndị Igbo sị na ụra tọwa ụtọ, e kwowe ya ekwo. Ugonna malitere buru ngwaahịa gawa n'obodo ọzọ dịdebere ha bụ Okwụebu, ga na-ere. Ubọchị o ji aga Okwụebu bụ ụbọchị nnukwu ahịa ha. Nnukwu ahịa ndị Okwụebu na-azụ bụ ahịa Afọ. Ubọchị obụla Ugonna gachara Afọ Okwụebu lọta, ihu na-atọ ya ọchị n'ihi na ego na-eju ya akpa. Ngwaahịa obụla Ugonna buuru gaa Afọ Ọkwaebu, ndị Ọkwaebu na-ada ya ubụ n'ihi na Ugonna na-egbu ahịa ya na ntụ. N'ihi na ngwaahịa ya niile bụ ndị nke o si n'ubi ha na kwa ala nna ha were na-enweta. Ngwaahịa ya abụghị ngwaahịa

***'a zụta, e regharịa'***. Ugonna na-aga ahịa Ọkwụebu ngwangwa ma lakwaa ọsọọsọ.

Mgbe ọbụla Ugonna na-aga Ọkwụebu, naanị onye ga-adị ya n'uche tutu ọ laghachi Udumọka bụ Ọgụnna. Ọ na-eche otu ọ ga-esi hụ Ọgụnna. Ugonna chọrọ ihụ Ọgụnna ka ọ mara ka ezigbo enyi ya nwoke mere. Adreesị Ọgụnna nyere ya abụghị nke ọ ga-eji chọtanwuo be Ọgụnna ha. Otu ahụ kwa ka Ọgụnna si were na-achọ otu ọ ga-esi hụ Ugonna. Mgbe niile ka Ugonna na-adị ya n'uche.

Otu ụbọchị, ụbọchị Afọ, Chukwu were mere ha ihe ha chọrọ. Kedụ ndị bụ ndị ahụ? Ugonna na Ọgụnna! Ugonna bu mkpụrụ ukwa ya na nne ya piri ma sachaa, gawa ahịa Afọ Okwụebu ka ọ ga ree. Ukwa ahụ juru nnukwu nkata. Ka Ugonna bu nkata ukwa ya rutewe nso n'ahịa Afọ Okwụebu, lekwa

Ogụnna! Ogụnna n’onwe ya bu ụdara bịakwuo ahịa ka o ree. Ụdara ndị ahụ bụ ụdara ọ gbara ụzọ ga tụtụtachaa ụbọchị ahụ.

Ozigbo Ugonna hụrụ Ogụnna, o jidesie nkata ụkwa ya aka ike, tipu ọsọ, chụrụ Ogụnna gawa. Ka O na-achụkwu Ogụnna ka ọ na-eti Ogụnna! Ogụnna!! Ogụnna!!!, Ogụnna o o o!!!, Kwụsị ebe ahụ ka mụ bịa o o!!! Ozigbo Ogụnna nụrụ aha ya a na-etiku na mkpu, ọ tụgharịa. O kwetaghi na ọ bụ Ugonna ka ọ hụrụ. Ugonna were ọsọ na-agbakwute ya. Ogụnna si ebe ọ nọ tikapụ ọsọ gbakwuwe Ugonna. O jidesịkwara nkata ụdara ya ike. Ozigbo ha abụọ gbakwutere onwe ha, ha makụọ onwe ha, malite bewe akwa. Mgbe ndị ahịa hụrụ ha abụọ ka ha makụdoro onwe ha, na-ebe akwa, ha bido gbakọwa n’ebe ahụ ha abụọ nọ ma jụwakwa ha ma ọ bụ

ogụ ka ha na-alụ ha ji were na-ebe akwa.

Mgbe Ugonna na Ọgụnna lere anya hụ na ndị mmadụ agbaala ha okirikiri ịmata ihe bụ nsogbu ha, ha hichaa anya ha, konye onwe ha aka n'olu, si ebe ahụ pụọ gaa ebe ọzọ nọdụ. Ndị mmadụ gbakọrọ ebe ahụ malite chịwa ọchị ma gbasawakwa n'aka oku, aka ọkụ.

N'ebe ahụ ha nọzi ka Ugonna gwara Ọgụnna na o bidola akwụkwọ. Na ọ bụ ya na-azụzi onwe ya n'ụlọakwụkwọ n'Udumọka. Ọ sịkwa Ọgụnna na o hapụbeghị ahịa ahụ ha zụrụ n'Owere, aka, n'ihi na ọ bụ ya na-edu ya na ndị be ha ugbua. Ọgụnna were sị Ugonna, "O kwesịrị ka anyị na-enye Chukwu ekele ka o siri kpọpụta anyị n'ọnụ agụ. Mụ onwe m bụkwuazi mgbereahịa ka m na-erezi ugbua. Ọ bụkwa ya ka mụ ji azụ onwe m n'ụlọakwụkwọ ugbua. Eji m

nke a mara n'ezie na Chukwu anaghị ahapụ onye ọbụla gbakwutere ya. Ọ kwa ị hụla na Chukwu ahapụghị anyị. Achọrọ m ka anyị abụọ mata nke ọma na ọnọdụ anyị ugbua dịzi anyị n'aka. Ọ bụ ihe a anyị na-eme, mgbereahịa a, ka anyị ga-eji chọta onwe anyị ma karakwa ibe anyị mma. Bịagodu ka anyị gaa ree ihe anyị bu were bịa ahịa. Ka anyị kwụsigodu nkata anyị a ebe a ugbua."

Ha abụọ konye onwe ha aka gawa ahịa. Ka ha rechara ahịa ha n'otu n'otu, Ọgụnna gwa Ugonna ka o soro ya bịa mara be ha. Ka ha ruru na be Ọgụnna ha, Ọgụnna kọwaara ndị be ha onye Ugonna bụ. O mere ka ha ghọta na Ugonna bụ onye ahụ o na-akọrọ ha maka ya. Ndị be Ọgụnna ha nabatakwara Ugonna nke ọma. Ugonna na Ọgụnna mechaa kwekọrịta na nkata ha na Ọgụnna ga na-abịa ereta ego n'Eke Udumọka kwa Eke ọbụla.

Ogụnna kwekwara enyi ya nwoke nkwa na ọ ga-abịa ahịa n'Udumọka na-abịa. Na ọ bụ ebe ahụ ka ha ga-ahụkwa ọzọ!

N'ụbọchị Eke ahụ. Ugonna esilarị na be ha pụọ ga chere Ogụnna ebe ha kwekọrịtara na ha ga-ezukọ ụbọchị ahụ. Ogụnna bu mkpụrụ akwụ were bịa ahịa ụbọchị ahụ. Ha abụọ zutekwara onwe ha dị ka ha siri kwekọrịta n'Ọkwụebu. Ozigbo ha rechara ihe ha bu bịa ahịa, Ugonna kpọrọkwa Ogụnna gaa be ha. Ihudiya nabatakwara Ogụnna nke ọma n'ihi na Ugonna akọlaara ya maka Ogụnna.

Ogụnna nọchaa, Ugonna dupu ya. Malite ụbọchị ahụ gawa, ha abụọ na-ahụzi onwe ha kwa mgbe ọbụla. Ha ahụghị onwe ha n'ahịa Afọ Okwụebu, ha ahụ onwe ha n'Eke Udumọka. Ọ bụrụkwanụ na ha ahụghị onwe ha n'ahịa Afọ maọbụ n'ahịa Eke, ha ahụ onwe ha

na be Ugonna ha, maọbụ na be Ọgụnna ha. Mgbe niile ka ha na-atụta aro banyere ndụ ha na kwa maka ọdịniihu ha. Ha abụọ dịzi ka akị gbara mkpị ugbua!! Olileanya ha abụọ bụ maka echi ịkara ha taa mma!!!

## GEE NTỊ!

Odee akwụkwọ a sị gị aṅụla ngwọ na nkwụ na-abịa. Akụkọ a agwụbeghị! O malitekwara n'akwụkwọ ọzọ aha ya bụ **ỌNWỤ EGBUGHỊ ONYE ỤWA** Chọta ya ma zụta ya ka i were matakwuo ije Ugonna!!!

## AJỤJỤ GBASARA AKWỤKWỌ A BỤ UGONNA

### NKEJI NKE MBỤ

1. Onye bụ Mmadụfọrọ?
2. Kedụ aha nne Ugonna?
3. Umụ ole ka nne na nna Ugonna mụtara?
4. Kedụ ihe kpatara Ugonna jiri gawa igba odibo n'Owere?
5. Dee ma kọwaa otu Onwụekwe na Ijemma si were mata onye Ugonna bụ.
6. Ugonna, ọ bụ nwa nke ole n'ime umụ nne ya na nna ya mụtara?
7. Gịnị kacha bụrụ mkpa Ugonna o jiri chọọ ka o gawa igba odibo?
8. Dee ma kọwaa otu nna Ugonna si were nwụọ.
9. Kedụ akaọrụ nne na nna Ugonna Kọwaa nke a nke ọma.
10. Dee ma kọwaa ihe Ihudiya gwara Onwụekwe na Ijemma mgbe ha bịara ka ha kpọrọ Ugonna.
11. Onye bụ Izuegbu?
12. Kedụ otu Izuegbu na ndị be Ugonna ha si were mata?

## NKEJI NKE ABỤỌ

1. Gịnị kpatara Ugonna jiri nwee nnukwu ọńụ mgbe ọ bịara Owere?
2. Kedụ ihe bụ mkpa na ọchịchọ Ugonna n'Owere ọ bịara?
3. Kedụ aha nwa izizi Ọnwụekwe na Ijemma?
4. Onye bụ Chikeremma?
5. Gịnị kpatara ọyi ji were dabara Ugonna na Emezie?
6. Ụmụ ole ka Ọnwụekwe na Ijemma mụtara?
7. Kedụ ụdịrị ozi ezinaụlọ Ugonna anaghị ejenwu?
8. Ọrụ ọ na-ahiara Ugonna ahụ ịrụ?
9. Kedụ ụdịrị nrọ Ugonna na-arọ ma ọ lakpuo ụra?
10. Kedụ ọkpụrụkpụ ihe toliri Ugonna akpịrị o jiri hapụ be ha were sowe Ọnwụekwe na Ijemma?

## NKEJI NKE ATỌ

1. Ugonna ọ malitere igu akwụkwọ ozigbo ka ọ nọzuru ọnwa ole n’Owere tupu ọ malite igụ akwụkwọ?
2. Ugonna o nwere ihụnanya n’ebe ezinaụlọ Onwụekwe nọ?
3. Kedụ ihe kpatara Ugonna jiri kwenyesịa ike na o ga-ebido akwụkwọ n’oge n’eteghị anya?
4. Kedụ otu obi na-adị Ugonna ma ọ hụchaa ụmụaka ibe ya ka ha na-aga akwụkwọ ma na-alọtakwa?
5. Igụ akwụkwọ na akwa a na-eyi n’ahụ, kedụ nke ka were dị Ugonna mkpa?
6. Ugonna o bụ nwata na-ama akwụkwọ?
7. Onye nke ole ka Ugonna na-agba n’ule na klaasị ndị o gụrụla n’Udumọka?
8. Iri nri na igụ akwụkwọ, kedụ nke na-atọnahụ Ugonna?

## NKEJI NKE ANỌ

1. Kedụ nkwa Onwụekwe na Ijemma kwere Ugonna?
2. Kedụ otu Ugonna siri chetara Onwụekwe maka nkwa ha kwere ya?
3. Olee ụdịrị aha Onwụekwe turu Ugonna ka ọ zachara Ugonna ihe Ugonna jụrụ ya?
4. Chikeremma na Onwụekwe ha, ha bikwara nke ọma?
5. Kedụ ihe kpatara Ijemma ejighị chọọ ka e tinye Ugonna n'ụlọakwụkwọ ozigbo?
6. Onwụekwe na Ijemma, olee onye tụtara aro na Ugonna kwesịrị ka ọ kpata ego ụgwọ akwụkwọ ya?
7. Kedụ ụdịrị ụlọakwụkwọ Ijemma tụtara n'aro ka e tinye Ugonna?
8. Maka gịnị ka Ugonna ga-eji were malite ire ahịa n'Owere?
9. Kedụ ụdịrị ahịa a chọrọ ka Ugonna sọrọ ụmụaka ndị ọzọ rewe n'Owere?
10. Echiche Ijemma ọ bụ echiche Ugonna?

# EDIDE MPỤTARA

| | | | |
|---|---|---|---|
| Ahịa Mbughari, | 35,38,39 | - | Hawking |
| Àpà | 58 | - | Scar |
| Ite Njụoyi, | 36 | - | Refrigerator |
| Klaasị, | 19, 21, 25 | - | Class |
| Mmanya ọtọbịrịbiri | 39 | - | Soft drink |
| Nkịrịnka akwa, | 46 | | Rag |
| Ntuntu, | 50 | - | Big |
| Oolo, | 63 | - | Dialectical version of **'No'** |
| Ọtaakara , | 11 | - | Nursery |
| Owere, | 10,11,12 | - | Owerri |
| Poopii | 23 | - | Onomatopaic figurative for deceit |
| Teburu, | 45,47 | - | Table |
| Tooroo, | 32 | - | Onomatopaic figurative for inferior thing |
| Uzù, | 50 | - | dust |